# NWÖGURE

**Akükö**

**nke**

**Philip N. Edomobi**

dere

© 1999
i. k. imprints
Owerri

# Isi Okwu

Nwanyï anaghï ebichi ama nna ya

Ndï ala anyï sï: "Onye gürü nwa ya nwanyï aha öma güürü ya di ga-alü ya."

Nke ahü bü eziokwu. Leenü. Ugbu a Chimerelem Dede alüöla di, bürü nke Anyanwü; Ihumarüla Önüöha bürü nke Ödöeme; Onyeberechiya nwa m abürü nke Iwuanyanwü.

Okwu ahü gosiri sï n'ala Igbo onye mütara nwa nwanyï atüghï anya na ö ga-ewu ülö mgbe o toro biri nga ya. Kama o nwere mgbe nwata nwanyï ahü ga-aghö onye mba özö. Ö bü ihe na-ekowe di na nwunye öbüla na-enwebeghï nwa nwoke obi n'elu. Ume na obi anaghï eru ha ala, n'ihi na ha enwebeghï nwa ga-ebichi n'ülö ha ma ha hapü üwa nke a.

Ö bü inweta ümü ga-anöchi anya nne na nna, na ïkwadobere ümü ahü ihe ga-eme ka ndü dïrï ha mfe butere oke mgbalï nile na eri-eche-echi dïïrï mmadü n'elu üwa.

Aha dï iche iche ndï a nne na nna na-agü ümü ha ga-aköwazi ihe m na-ekwu nke öma. Mmadü müta ötütü ümü ndïomi bïa müta otu nke nwoke, o nwere ike kpöö nwa öhürü ya ahü aha dï ka Obialö, ma ö bü Iheanachö. Aha dï ka Amaechi, Ahamefule, Nwanöchie, Obiechi, Obiefule bücha aha ömüma atü iji kwado okwu m ahü.

N'oge ochie nwa agböghö topüta n'ezi na ülö, nne ya na nna ya aküchaa abö ha ji ana ego si na ya. Ö na-abürü nwa agböghö öbüla ihe obi ütö ïlü di na-atüfughi oge otu ihu ahü o tojuru. Mana otu agböghö toro n'ama anyï kpara agwa pürü iche. Aha ya bü Nwögure. Aga m akö akükö gbasara ya ugbu a.

# 1

## Nwanyï na-achöghï ïlü di

Nwögure bü uke agböghö toro n'ala anyï mgbe na-adïbeghï oke anya. Ö mara nnöö mma nke anya hü o lewe. O toro akparawa, dï ngasinga, egokwa ugo.

Ï marala sï ito nwata n'ihu ya maka mma ö mara nwere ike mebie ya isi. Nwögure bü onye na-akpa agwa öma, eme ïbara n'üzö dï mma. Öchï ya na-enye obi ütö. Üda olu ya na ekele önü ya na-emejü obi iwe. Ndï mmadü mere Nwögure ihe öjöö site na-ïja ya mma n'ihu. Mma ya were baa ya ntï. Nke a mere ka ö kpawa nganga, rewakwaa oke ure.

Nwögure anaghï ewe iwe ösö ösö, ma ö bü gosi önüma n'okwu önü ya. Ö bü onye na-egwu egwu, na-emekwa sarï sarï; mana ö na-ajakarï onwe ya mma.

Otu örü kachasï ibe ya o nwere bü alüghï di. Ö chörö ibi n'ülö nna ya dï ka ümü nne ya ndïkomi. Ihe e ji emejö ya bü ikwutere ya okwu alüm di. Mgbe öbüla o chewere ikwe ïlü agü okorobïa öbüla jürü ya ajüjü ïlülü, ihe na-agwü ya ike bü ka ö ga-esi hapüchaa ezi nna ya gaa biri n'mba özö, nke pütara na ö ga-eji aha nwoke özö na-abüghï nna ya Ike Ezeagü (ma ö bü Ike Eze) zaa aha. O chechaa nke a, o hihie n'isi, nödükwa ka ö nö mbü, na-ede uri ya, arïö uhie, akpa isi ya n'üzö dï iche iche. Nke ö kpara n'izu nke a abüghï nke ö ga-akpa n'izu özö.

O nwere ihe na-eke eke dï ka önwa na kpakpando ö na-etu n'abüba isi ya ma ö kpachaa isi. A na-azüpüta ihe ndï ahü n'ahïa Ükwa ma ö bü na

Ndökï. Otu Ike Eze na-aga ahïa Azümmiri ebe ö na-ere mmanü nkwü, azütakwa anwürü na ihe ndï na-esi na mmiri abïa, ö ga-abü ya na-azütara ada ya ihe ndï ahü na-ekwe mürü mürü ö na-etu n'isi ya. Ike Eze na ndï na-eso ya aga ahïa ka a na-akpö "ökwa ibu," ma ö bü ndi ükwü öhürü, naa-ere ihe dï otu ahü oge ha lötara ahïa Mba Mmiri. Ndi ökwa-ibu ya ahü bücha okorobïa gbara dimkpa, gbasie ike.

Mgbe ya na ndï na-eso ya ahïa lötara ahïa Öhambele, Akwaete ma ö bü Orie Öhankö, ötütü mmadü na-abïa n'ülö ya ka ha zürütü ihe ha buru löö. Üfödü n'ime ha bü di mgba. Otu üböchï ha na-alöta ahïa, mgbe ha rütere na ala Ngwa, ha hürü hü ndï na-akü ekwe mgba ma ö bü ikwirikwe. Ndï ahü asï ha: "Ünü egwebikwala önü ügü anyï." Ï sï mmadü egwebikwala önü ügü mgbe ö na-agafe n'üzö bü itiri ya iwu ka ö ghara ïgafe ebe ahü na-agbaghï mgba.

Ike Eze elee ndï okoro ya anya sï ha: "Jikerenü, o birile ökü." Ümü okoro ya ahü ezidachaa ibu ha n'ala, ¤azie olu ha, fetïa ükwü ha na aka ha, bïa chee ihu ebe a na-akü uri mgba. Okorobïa abüö agbara ösö ngwa ngwa bïa ¤üö mgba n'ihu ha. Otu ökwa-ibu Ike Eze a na-akpö Anösike asaara ha mmadü abüö aka abüö, nke pütara na ya nwere ike ïba nke öbüla n'ime ha mgba. Otu onye n'ime mmadü abüö ahü nke aha ya bü Obieti amaküö Anösike, susuo ya önü, na-eme ya ka mgbe mmadü hürü enyi ukwu ya nke di ya mkpa.

Anösike enye enyi ya Ikwuakö akwa mmiri ö nya n'olu, tügharïa ka o jee ka ike na ike zute. Ezeagü agbapüta ozugbo, bie aka abüö n'ala kwuo gwa ya.

"Iyi üküm na-ebu ogwe osisi! Öba ükwü na-anaghï eru ala gbara aka aja! Dike-ögü-ekwueme! Onye m na-ekwo aba ögü na-anaghï emebö m! Wepüta ihe ï na-eji ekuji mba ka m buru gï n'ubu! Kïtïkwa ndï nke mbü ï lugburu, elugbukwala onye özö."

Mgbe ahü Ike Eze na-akpato onye mgba ya ka o were wakee ike ya ka Obieti jere n'ihu ndï be ya tie: "Hi-i-i!" Ha azaa ya: "Ho!" ugbolo atö. O were gbara egwu laghachikwuru Anösike.

Anösike, nwoke mmadü ike gwuchasïrï, si ebe di anya, ehulata ala, bide aka abüö n'ikpere aka nri ya, na-ele anya dï ka onye na-amaghï mgba. Nke a mere ka ümü ndïomi bïara ile anya kükepü n'öchi. "Ha-ha-e-ei, o-a!" Ikike öchï nke a kuliri ike nke Obieti elu, mekwaa ka o cheta elu a ga-ebuli ya, otito a ga-enye ya na egwu ümü ndïomi ahü ga-agürü ya mgbe o luru onye ije ahü n'ala.

O were wepüta ike na mmüta o jiri bürü onye öka mgba, were ike ike na achü onye ögü ya. Aka na-akürü ya, üzü na-eme, ndï mmadü na-enubata n'ögbö mgba. Ndï na-achï ögbö ewere apïpïa ogologo na-achüsa ha.

Nwoke a chügidere Anösike n'ike n'ike were ruo mgbe o tibara onwe ya n'ime önya nke onye akö ahü gbaara ya site na mbido egelege ha. Onye üküm ahü (bü Anösike) ewere üma ugide ji ekechi ihe mara n'önya ya jiköta ya, töö ya n'ala gbim!

Mkpötü e mee!

Ndï na-akü ikwirikwe akwüsï. Ümü ndïomi ekpuchie aka n'anya, gbiïgara ndï na-akü ekwe mgbo azü. Üfödü ümü okorobïa asüö ukwu n'ala, bide aka abüö ha n'isi, nwüpide anya ha, tagide egbirigbe önü ha eze. Ndï okii (a na-akpökwa ha ndï okenye) etie mkpu sï: "Ihie m e-i!", na-ajü sï: "Onye hubere ihe di ka nke a mbü?"

Aka ölï ahü Obieti daruru ala, Ike Eze na ndï ümü okoro ya ebulie Anösike elu, buru ya n'ubu na-akpö ya "Ekwu-eme! Isi eru ala nwa Chioke! Ike, kere n'ülö kee na-mba!" Ha gaara ibu ya n'ubu gaa ebe ahü gburu gburu, mana üjö, sï ikekwe ndï ebe ahü ga-alüsï ha ögü, mere ha kwüsi, buru ibu ha, laa ngwa ngwa.

Ndï özö na-alöta ahïa na ndï mba özö na-agafe agafe hürü mgba ahü sïrï: "Nwoke a bü di mgba." Üfödü asï: "Mgbe onye ije na-aga n'üzö ö dïghï ka o nwere ebe ö na-ala." Ndï özö asï: "Ezie, onye na-amaghï agü na-akpö ya anawïrï."

Ka ha na-ala, Ike Eze na ndï otu ya kögidere akükö mgba ahü na achï öchï. Ka ha ruru ülö n'üböchï nke özö na-akökwa akükö ahü, Nwögure na ndï ö na-ede uri agbapüta jüö ha sï: "Ünü gbara mgba n'üzö ahïa?" Ike Eze ewere

kösara ndï ülö ubu nke Anösike tiri mgbe ha löpütara na Ngwa. Ümü agböghö ahü achïa öchï, ¤ürïa ö¤ü.

Ada Ike Eze hapürü onye ahü ö na-ede uri, gaa tinyere nna ya mmiri ïsa ahü, doziere ya na ndï ökwa-ibu ya nri. Ö malitekwa dewe nwa agböghö ahü uri. Ha were na-eto Anösike, onye nörö n'ije ike ögwügwü na agürü merie onye oke mgba Ngwa.

Nwögure na-eme öka na-ïkpa ümü agböghö ibe ya isi, nakwa ide ha uri. Agböghö kpara isi ya nke öma na nke deziri uri ya nke öma, ibe ya na-ajü ya si: "Ö bü Nwögure kpara gï isi a? Ö bü Nwögure dere gï uri a?"

Nwögure na-arü örü ezi na ülö nke öma, arükwa örü ubi, egwere nna ya anwürü. Nri o siri na-abü erichaa a chöwa özö. Ö bünadi nri buru ibu a na-esi n'oge nnukwu emume, söösö ya nwere ike isi ha, süö, tee, bupüta, na-achöghï enyem aka onye öbüla. Örü dï ya, dï ka e kwuru mbü, bü alüghï di. Nke a wutere nne ya bü Ezidi, mekwaa ka ya na ada ya köö önü n'ülö, n'üzö örü, na n'oge nri. Nihi nke ahü, o nwere mgbe ndï bi n'ogbe ha na-ezukö ikpere ha ikpe. Nke a apütaghï na Nwögure bü ajö nwa agböghö ma ö bü na nne ya bü ajö nwanyï. A gaghï ekwu sï ndï ahü na-abïa ikpere ha ikpe bizu na mma kara nne na nwa ahü. Kama ö bü ihe ndï na-atü ilü jiri kwuo sï: "Öghöm ghöö onye amamihe, onye nzuzu abïawa ïdü ya ödü."

Aga m ekwu na ö bü mgbakasa ahü alüghï di Nwögure na-agbasa Ezidi butere ögba-aghara nile ahü. Oge öbüla obi na-adïghï Ezidi mma okwu öbüla Nwögure kwuru nwere ike ïkpasu ya iwe. O were kpöwa ya Oke nwanyï, Ada kara nka n'ülö nna ya.

Ada Ike Eze, (aha özö a na-akpöka Nwögure) jisichara ike ka o zete esemokwu nke na-eru dï ka mmiri n'etiti ya na nne ya. Mana a naghï eji ahïhïa unere ezete mmiri oke ifufe. Ö sopüürü nne ya, jeere ya ozi nke öma, lezie ya anya n'oge örïa, nyekwara ya aka na mkpa nile. Ma ihe nile a ejughï Ezidi afö, n'ihi otu ihe ahü na-akpa ya mkpa ka Nwögure mee o mebeghï ya. Nwanyï sighee ma ratübeghï, ihu anaghï asa ya asa. Ezidi chörö iri ihe si na nwa ö mürü, züö. Nwa ya ahü achöö ibi nga nna ya dï ka nwoke. Öchüchö obi

ha were di iche iche. Ï marala sï obi abü otu na-akpata olu ïgba iche. Nke a mere ka okwu ha daa iche iche.

Anyï nile maara na ihe agaghï ka a chörö ya na-ewute mmadü. Ö dï m ka ha na-akacha iwute ümü ntakïrï, na ndïomi üfödü, ndï na-achöghï idi ihe. Ö bü enweghï ike idi ihe ahü na-eme ka mkpu akwa ma ö bü mkpu önü ümü ndïomi na-eti ji ala elu karïa nke ndïkomi na-eti mgbe ihe mere. Ïgba oke önü, anya mmiri, ma ö bü akwa, bü ihe nwanyï ji egosi obi iwe ya. Mana nwoke na-eji obi ebu ibu arü nke ya, n'ekwupüghï tïm. O nweghï mgbe Ike Eze bara mba ögü ma ö bü köö ada ya önü banyere alüghï di ya. Mana ö na-agükwa ya agürü ike ya di, otu ümü ebiri Nwögure üfödü mütarala ümü atö ma ö bü karia otu ahü na be di ha. O kwere na ndidi bü mmeri.

# 2

## Ezidi agbalïa ime ka ada ya lüö di

Ezidi sitere üzö öbüla nke o chere ö ga-esi mee ka Nwögure püö ya n'aka. Ndï mmadü kwuru sï: "Gï chöwa ire nwanyï ngwa ngwa, tü ya nwanyï ibe ya, n'ihi ö bürü na ndï üghala ahïa ekweghï ya önü ahïa öbüla, ö ga-asï ha biko kpörö ya n'ükpörö." Ezidi na-eji önü ya gwa nwa ya nwanyï ka ö chöö nga ö ga-aga biri.

O nwere mgbe ö na-aga n'aja, kwüö ego ka ndï dibïa gbara ya ihe o ga-akwü ka ada ya were lüö di. Ötütü mgbe ka ha gbara aja gwa ya ahïhïa osisi dï iche iche na ükpara ndï ö ga-esiköta ha na ahïhïa ahü were mmiri ha süpütara sachaa nwa agböghö ahü ihu ma ö bü saa ya ahü. Ö dïzïa ka a ga-asï na azï di gbara Nwögure. Mgbe üfödü ö na-agwa ndï nkö (ndï na-agba afa) ahü sï: "Azï di agbaghï Ülarïöha, nwa m. Kama, ö naghï ekwe ïlü di. Gbaaranü m ihe m ga-enye ya, ya erie, kwere ïlü di na-abïara ya." Ülarïöha bü aha Ezidi na-akpö Nwögure mgbe obi dï ya mma, iji too ada ya ahü maka ogologo o toro na mma ö mara.

Ötütü mgbe ka ö na-atü Nwögure n'anya otu nne ya na-eji enye ya ihe ndï ö na-atüghï anya ha, na ka o si achö ïsa nwa agböghö dï ka ya ahü, achürü ya aja mgbe ya na-adïghï n'örïa. Ihe nile ndï a Ezidi na-eme, Ike Ezeagü anaghï amata. Ö na-eme ha n'uche nke nanï ya.

O nwere mgbe ö na-akpö ndï öka ögwü ka ha gwöörö ya ögwü nwa ya ga-eri tügharïa uche, kwere ïlü di. Ndïomi ibe ya, ndï matara ihe ndï a ö na-eme na ata ya üta, adö ya aka na ntï ka ö ghara igbu nwa agböghö ahü ma ö

bü mebie übürü isi ya. Okwu ndïomi ibe ya ahü yiri Ezidi egwu; mana ha egbochighi ya ihe öbüla n'ihi alüm di nwata ahü dï ya oke mkpa. O nwere mmadü üfödü, ma ndïkomi ma ndïomi, ndï ö na-abü, mgbe ha na-enwetabeghï öchïchö nke obi ha, ha agaghï asö nsö ime ihe öbüla, ihe ihere na ihe na-atü egwu!

Otü üböchï Ezidi kpörö Onyekwe ka o nye ya ögwü ada ya ga-eri obi edoo ya, ya alüö di. Onyekwe bü nwoke na-esi Ümüdiöka abïa ije ögwü n'ala anyï. Ya na Adözewe nwa ya na-ebi n'ülö Nwohiri Nwüwa ma ha bïa. Onyekwe maara anya ögwü nke öma. O jiri ïgwö ögwü ya nyere ndï mmadü aka na mkpa ha. O nweghï mgbe ö gwörö ögwü okpuru ma ö bü ögwü arürü ala. Ya mere mgbe nwanyï ahü rïörö ya ka ö gwa ya ego ole ya ga-akwü ka o nye ya ögwü maka nwa ya, ö jürü ajü.

N'oge anyasï dibïa ahü kpörö Ike Eze n'ülö Nwohiri, kösachaara ya ihe oriakü ya na-achö ime maka ada ya. O were döö ya aka na ntï ka ö kwüsï nwunye ya ime ihe dï otu ahü, n'ihi ajö dibïa ma ö bü ndï iro ha nwere ike site n'üzö dï otu ahü gbuo nwa öma ahü ma ö bü merüö ya ahü.

Akükö nke a mere Ike Eze ihere, wee ya iwe, tüökwa ya üjö. O were na akö ka o siri tü ya n'anya na Ezidi na-achö ime ihe dï otu ahü n'agwaghï ya. Ugbu a ka öha matara sï nwoke ahü amaghï ihe nile nwunye ya na ndï dibïa ya na emerïsï maka ada ya.

Mgbe ihe nzuzu nile Ezidi na-eme gbapütara ihe, Nwögure amata ihe mere nne ya ji abïa ïsa ya ihu n'isi ütütü üfödü, achükwara ya aja, mana ya adïghï n'örïa. O were bee akwa.

Ihe a kpatara esemokwu n'ezi Ike Ezeagü. Mgbe mmadü na-ekwebeghï sï ajö omume ya bü mmehie, ö püghï imezi ndü ya. Ike Eze bara mba ögü maka ihe nwanyï ya mere. Mana nwanyï ahü ekweghï ka önü nke di ya kara nke ya. O chere na di ya chörö ka Ada ya biri nga ya?

Otu Ike Ezeagü bü mmadü nwere ndidi, nwekwaa ike igbagha mmehie, o jisiri ike mee ka oriakü ghöta na ö dïghï mma isi üzö dï otu ahü eme ihe, meekwa ka udo dïrï n'ülö ya.

# 3

## Esemokwu nne na nwa

Udo dịịrị n'ülö Ezeagü ihe dị ka önwa asatö. Obi törö di nwe ülö ütö, tökwaa ümü ndịkomi abüö ya, aha ha bü Önüekwugbulem na Udoezi. Mana ka önwa asatö gafechara, öchịchö obi Ezidi ahü abịaghachi otu ö dị mbü. Ezidi amalitekwa imekasa ada ya ahü. Nwögure kwuo okwu, Ezidi atakürü ya, na-aköchasa ya n'üzö karịrị nke aga edi edi.

Otu üböchị ka o subarala Nwögure na nne ya. Nwögure gbara üzö jee iyi ütütü, löta, zachaa ezi ha. Ö zachakwara ülö eghu, wepüta eghu, kwüpee üzö ökükö, bịa nödü ödü ka o chere aka n'ökü o tinyere n'obu nna ya.

Ezidi apüta, hü ya, mee ihu ka o tara ede ndü, bịa na-akwapü Nwögure ka ö nara ya oche o jiri nödü ödü. Nwögure were litere ya n'oche nke ahü, gaa buru oche özö.

"Oche nke ahü, ö bü nke gị?" nne ya jürü ya.

"Ndaa," Nwögure akpöö nne ya, bee akwa, sị: "Ndaa, gịnị kpatara nke a n'ütütü a?"

Nne ya asaghị ya ajüjü nke a.

"Gịnị kpatara m mechara gị ihe öma mmadü na-emere nne ya, mee nta, mee imo, obi anaghị adị gị mma?"

"E e! Obi ga-adị m mma," Ezidi zara ya. "Ö dịwala m mma. Ogbe ji ukwu ndị a di gị buteere m, mü na-egbuwa, eri. Ike nnu ukwu ndị a nne di gị butere m, mü na-ara, enyetü ndịomi ibe m ndị nyetürü m nke si na n'ümü ha, mere obi ji-adị m mma!"

Nwögure ebesie akwa ike sï nne ya: "Ndaa, ke mgbe ï chöwakwaranï m okwu a eteka! Amarala m sï önünö mü na gï nö nga a adïghï gï mma. Ö na-ewute gï karïa örïa anya."

"E e, ö dï mü mma," Ezidi jiri olu iwe zaghachi, na-agba kum. "Onye ha ka gï bitökwa n'ülö nna ya, obi adï nne ya mma karïa egwu na öchï. Ö gaghï ewute m, ï bü nwunye di m? Ï bü nwoke? Ï sï o rubeghï mgbe ï ga-achö ebe ï ga-ejewara?" Ezidi jügidere ada ya, na-adanyekwu ya nso, na-achö ibi ya isi n'isi.

"Alülü di o feela m?" Nwögure jürü. "Otu a i si achü m ösö, ö bü otu nne gï siri chüö gï ösö? Asïrï m na-agaghï m alü di? Ö bü mgbe m hürü onye dï mü mma ka m ga-alü di."

Okwu ndï ahü Nwögure kwuru mere ka iwe wesie Ezidi ike. Ö gbökaa ya ahü, küchara ya aka n'ihu sï: "Olee ikwu mmadü ï na-achö? Ï chöga onye puru mpi? O nwere ikwu mmadü na-abïabeghï nga a? Onye bïa, gï atüö ya örü sï, o mekwa nke a, o meghï nke özö. Nne m ö na-achü m ösö; mgbe m ha ka gï, ebi m n'ülö ya?"

Nga a ka Nwögure bere akwa karïa, kpöö nna ya, jüö sï: "Dede, ï na-ahükwa otu nne si achöga m okwu n'ütütü a? Aga m akwügbu onwe m ma ö bü gaa daa Imo."

Ike Ezeagü, onye nö nso anütatü ihe na-aganü, ma ghara itinye önü wee ruo ka ada ya kpökuru ya, agwa oriakü ya sï: "Ezidi, gï mee nwata ahü gbafuo ma ö bü gbuo onwe ya öbara ya dï gï n'isi."

"Öbara ya dïkwa gï n'isi," Ezidi zaghachiri di ya. "Ö hü akaghï! Dimkpa ihu ala! Ï sï dimkpa nwanyï ha otu a nögide m ,mü na ya adöwa oche m üdö? Ike, ï sï ada gï alüla di?"

Ezidi na-ekwu, ö na-atü di ya aka n'ihu, na-eme ihu dï ka ö na-ebe akwa.

Ajüjü ahü, "ï sï ada gï alüla di," mere Ike Eze jiri jüö sï: "Gïnï webatara alüm di n'esemokwu ünü nke a? O nwere di bïara n'ütütü a, ka ö bïara ünyahü?"

"Nnaa jüwakwa ya o!" Nwögure kwuru na-asa aka dï ka onye na-amaghï isi okwu. O were gaa n'ihu na-akōwa sï: "Ö büdï oche m jiri nödü ala ka ö bïara buru. Oche özö dïchadï n'ülö a, ma ö chöghï ibu ha. Mü hapürü ya nke ahü gaa buru oche özö. Ya na-abara m ögü, achü m nchüfu."

Nne ya aghöbiri ya okwu n'önü, sï: "Gaa lürü di. Nye m efe n'ülö di m. Nwögure, ï makwa na ï meela okii? Gaa nga di, datara m ego, datara m ogbe ji, datara m nnu na akwa Ükwa. Mü bïa n'ülö gï na di gï, rie nri ömügwö, ünü emere m ihe apata, ö bü ihe öjöö? Nna gï sï ya agaghï eri, m rie mgbe m dï ndü. Akpata-erighï-eri ehule m!"

Ike Eze were gwa oriakü ya sï: "Biko nwunye m, gba nkïtï. Nwögure ga-alü di. A naghï eji ike araha üra."

Ezidi aghöbirikwa ya okwu n'önü, sï: "Ï sï m gbakwa nkïtï? Ke mgbe m gbawara nkïtï! Anya atöla m n'ama! Ndï mü na ha bïara ije di eriele akü ümü ndïomi atö atö, ma ö bü anö anö. Otu nwa nwanyï m mutara na-achö ïtö m n'aka! A bü m ö küta a ¤üghï?"

Ike Ezeagü eji umeala na olu arïrïö kwuore nwunye ya, sï: "Werenï nwayöö, biko, ka a ghara ïchünye ya na nkanka. Were nwayöö ka anyï na-ekpere Chi lee ma üwa ga-eme ntügha. Ihe na-efughï efu dï nga e doro ya."

Oriakü ya ewere wedatakwa olu nke ya ala, zaa, "Ihe na-ejighï mee ihe e ji ya eme dï ka ihe furu efu. E-e, o furu efu."

Di ya ewere na-akasi ya obi na-agwa ya na ö dïbeghï ihe mebirinï. Ihe na-emeghï taa nwere ike ime echi. Ö gwakwara Nwögure sï: "Ada nwa m, ï ga-alü di. Nwanyï bü akü, nlaru nwanyï bü nga di ya. Nwanyï bü nna-na-eri; öbüghï nna-na-alü!

Ezidi amalitekwa özö sï: "E ji anü eme ihe öha mgbe anü dï mmiri mmiri. Anü ree, ya esiwe usi; ya kpöö nkü, ya atalata. Ike Ezeagü di m, ï makwa na a na-eme ihe üwa otu a na-eme ha? Unere tojuo ya amïa nne. Nwoke topüta ya awara akwa. Agböghö toruo ya alürü di. Nke m ö pürü iche? Ö na-ezi m ö hürü n'anya nke erighï eri?"

"Ezidi nwunye m, i kwutere önü gï," Ike Eze kwuru. "Uche gï etojuole nke öma. Ö gaghï ete aka gï esowe Nwügbala Adübüonye na Onyeejilemüekwu ha jewe ikpe Afö Ebu!"

Onyeejilemüekwu na Nwügbala bü ndïomi abüö gbapütara ihe n'ime ndïomi na-edu ibe ha mgbe ndïomi ala anyï na-ezukö, na mgbe ha na-aga iwu ala. Ha na-esokwa ndïkomi ekpe ikpe tara ike n'ala anyï. Mgbe üfödü ha esoro kpee ikpe na mba özö. Ha nwere amamihe. Ha na-achï ümü ndïomi nile n'obodo anyï n'oge ahü.

Oge öbüla Nwügbala küchara ogele, welie olu elu, tie,"Egbe-e-i," ndïomi nile na-aza, "Eleehe-e-i!" Ya asïkwa ha: "Onye omeghala iwu-o," ha azaghachi ya: "Wo-n-wogholori!" Mgbe ahü nwanyï öbüla ga-akwüsi ihe ö na-eme, gaa ka ö nürü ihe onye isi ha na-achö ikwuru ha.

Nwügbala etoghï söösö akparawa, gbasie ike, o nwere nkamanya na akö-na-uche iso ndïkomi ekpe ikpe tara ike. Ö bükwa nwanyï mara mma ka nwatakïrï. Ihe maa mma nke ukwu, ndï ülö anyï na-asï: "Ö dï ka Nwügbala Adügbüonye," otu ha na-asï di na nwunye yiri onwe ha nke öma, hükwa onwe ha n'anya "dï ka Iwuöha na Nwanyïmma."

Okwu ikpeazü ahü Ike Eze kwuru kpasuru oriakü ya iwe. Ezidi were na-atamu sï na di ya kwara ya emu site n'ïtünyere ya ndïomi abüö ahü wara anya ka ndïkomi. Ezidi atachie ihu, zaghachi ya, sï: "Ike, gï na onwe gï ga-esokwanü Njökü Nwanchi, Agbügba Okereke, Nwachukwu Nwadigo, Nwankwö Anöwïï na Duruaghazie Ajüönüma gaa ikpe n'ïkpa Osu n'ahö a."

Ndï eze ahü Ezidi kpörö aha, bü Njökü Nwanchi na ndï özö, so na ndï eze ukwu na-achï ndïda Ökigwe oge ahü. Ha nwere nnukwu ike, nwekwaa ugwu na nsöpürü. Ha nwere ike kpee ikpe dï arü n'ülö ha, gbubie mmadü ego ma ö bü taa ya ahühü. A tükötara üfödü n'ime ha ji ökükö, jeekwara ha örü mgbe ha türü üka ka e mee otu ahü.

Ndï eze ahü bücha ö-kaa o-mee nke oge ahü. Ha kpere ikpe na köötü Osu. Ö bü köötü ahü ka Ezidi kpörö ïkpa Osu. Ö bü nanï otu "köötü" ahü ka e nwere na Mba-asaa Ökigwe, na Abba na Isu Ölü n'oge ahü. Njökü Nwanchi bü onye isi ha kpara ike nke ukwu. Nwanyï chörö imesi di ya ike nwere ike

gbalaa n'ülö ya bürü nwunye ya. Mana ka ezi ya dara ndïomi onyoghonyo mere ihe dï otu ahü amakwaghï ebe ha na-ala.

Ötütü n'ime ndï eze ahü bü ezigbo mmadü na-esozi ikpe esozi tupu ha waa ya, ndï na-emegbughï ümü ogbenye, bïa bürükwa icheku chere obodo ha.

Ha mekwara ihe dï iche iche, ndï nwere ike ïtö mmadü öchï ugbua. Ndï n'ime ha nwere anyïnya igwe gwara ndï obodo ka ha tüö ego, tüö ji, ma ö bü ihe oriri ndï özö, ka e were nye igwe ha ahü nri mgbe ha dara afö. A nakötachaa ihe oriri ndï ahü, e bufee ha n'ofe mgba-aja eze, ebe igwe ahü na ihe e ji afüju afö ya dï. Mgbe ahü ka a ga-akpöba Ihekwaba, onye Nkwere, ma ö bü onye özö mara ka e si etiba ikuku n'ime afö igwe.

Mgbe e tibachara ikuku n'ime afö ya e bupüta igwe ahü n'ezi. Onye eze arïkwasa n'elu ya, buru ya gbagharïa. Ndï obodo ya a¤ürïa ö¤ü n'ihi na igwe nna ha ukwu erijuola afö, dïkwa mma.

O nwere otu onye eze nke nö n'elu igwe ya, si n'ugwu na-akpödata. Ka ö na-enweghï ike ijitekwa breki, o tie mkpu gwa ndï na-aga n'üzö sï ha: "Biko, kwada nü m, kwadanü m!" Otu ahü ka ö dïkwa otu nke jiri igwe ögba tim-tim ya gbafee ülö ya mgbe ö na-enweghï ike ïkwüsï. Ö gbagidere ruo mgbe ö pürü n'ugwu dï elu, ebe ügbö ya nyürü ökü. Ya ejisie ike rïda oge ügbö ahü na-achö ïla azü. Üjö ekweghï ya gbaa ügbö ahü özö ruo mgbe o rere ya.

O nwere onye n'ime ha kpörö onye nnüpüta okwu (ya bü, onye ntapïa okwu) ka ö na-agwa ümü nna ya ihe ya bü eze na-ekwu. Aha özö a na-akpö onye nnüpüta okwu bü ö-nüta ö-kaa. Onye eze ahü na-epuru üzö gwachaa odibo ahü, na nzuzu, ihe nile ö chörö ikwu. Ha püta, ö na-aföja ihe nile o chere dï ka okwu bekee. Ö-nüta ö-kaa ahü ga na-eme ka o siri hü ndï na-anüpüta okwu bekee si eme. Mgbe nke a na-eme, üfödü mmadü na-ajü sï: "Olee oge nna anyï ukwu na odibo ya nke a jiri müta okwu Bekee?" Ndï özö ga-asi ha: "Ndï nzuzu, ünü amaghï na ihe ndï a bü ihe e mere iji ghögbute ünü?"

Aghüghö ndï a ha chere na a na-aghö gbasara akwükwö mere na ötütü ndï ögaranya ekweghï ka ümü ha jee ülö akwükwö. Ümü ndï ögaranya ihapü örü ubi nna ha, ïhapü ilezi ümü anü ha anya, ma ö bü ümüaka nta ha na ülö

ha, hapü ije ökü öhïa, dï ka ïtütü mkpürü ügba, ïga ükpara, eju ma ö bü nsïkö, jee ülö akwükwö, bü nnöö ïlalu ego n'anya ndï ögaranya ahü.

Nke ahü mere ka ötütü ndï mbü buru üzö müta akwükwö bürü ndï na-enweghï nna, na ndï nna ha na-enweghï ötütü ji. Ugbua ihe agbanwoola. Ümü ndï ögaranya nwe ïmü akwükwö, na ïga ülö akwükwö nke kacha mma, dara oke önü ahïa.

# 4

## Nwüwa enye aka ikpe udo

Aka a kürü n'üzö ama mere ka Ezidi sürü önü ya n'egbe önü ö kwadowere ïgba di ya, iji mee ka o soro ya baa mba ögü ka Nwögure lüö di. Ya na di ya elepü anya n'üzö ama hü Nwüwa ka o guzoro. Nwüwa kelere ha sï: "Ünü anwüna, o!"

Ha ekwe ya: "Ï  bïala, o!", gwa ya ka ö bata n'ime ülö.

Nwüwa bü ögaranya nke a na-enye nsöpürü. Ö bü eziokwu na ö naghï asa ahü oge nile; ma mmadü dum hürü ya n'anya, na-asöpürü ya. Ö bü onye ezi omume, hükwa mmadü ibe ya n'anya, na-enyere ha aka.

Oge Bekee gbara ndï ala anyi ögü, Nwüwa agbaghï ösö ögü dï ka ibe ya siri gbaa. O weere ntü na unyi tezuchaa ahü ya, wara akwa nkïrïka n'ukwu ya nke o jiri öbü mgbada jebide. O jikwara ahïhïa anyï na-akpö akörö füchie ahü ya, buru oche nta nke ö ghürü nzu na aja nchara gaa nödü n'akükü ogwe osisi dï n'obom anyï a na-akpö Ukwu Egbu. N'akükö ö körö ka e mesiri, ö sï na ya chere sï ndï agha ahü agaghï amata na ya bü mmadü.

Mgbe ndï ökpa-egbe ahü hürü ya, ha jidere ya, nye ya ökwa ka ö küö gwa ndï obodo ka ha püta bïa zuköö, na ndï ökpa-egbe alaala. Gere ihe o kwuru ka ö na-akü ya bü ökwa, kpom kpom.

"Ibe anyï, ndï chörö ka a bade ha, pütanü-o-o! Onye chokwaranï ïta ji eze özö, ya mara mee. Ma ndï öcha ma ndï ojii, mü na ha kwü nga a. Pütachanu ka ha gbagbuchaa ünü-o-o."

Mgbe ndï mmadü nürü ihe ö na-ekwu, ha aghöta na ö bü ökwa ka ö na-amara ha, were gbamie ime öhïa, makpuru ala.

Ndï söja mesiri ya ihe ike n'ihi o kwughï ihe ha sïrï ya kwuo. Ha were manye ya ka ö küö ekwe ahü özö gwa ndï mmadü ka ha züköö. Oge ahü ka ügba jiri gba n'elu. Iji mee ka ndï nö n'öhïa mara na ndï söja ahü na-akü ya ihe, Nwüwa asï: "Biko nna m ukwu, ünü egbule m egbu. Nna m ukwu onye söja, tütünye m mkpürü ügba ahü. Nna m ukwu onye Bekii, ï takwa ügba? Ndï ala anyï pütachaanü bïa hüsiri anya o-o."

Ndï söja etie ya ihe özö, kpöö ya onye aghüghö. Söösö onye hürü mmadü ibe ya n'anya nwere ike ime ihe a Nwüwa mere.

Mgbe Nwüwa batara n'ime obiama Ike Eze, enye ya oche. Ezidi ejee weta öjï nye di ya. Di ya emetü öjï ahü önü sï: "Dianyï Nwüwa, öjï abïala."

Nwüwa asï ha: "Ünü emeena öjï."

O were bitü öjï ahü aka, sï: "Di anyï, ngwa, waa ya."

Ike Eze awaa ya bü öjï, sï: "Di anyï, ö daziele. Ö gbara ibe anö."

Nwüwa azaa: "Ütö! Ihuöma anyï!"

Onye nwe ülö atüpü ume öjï ahü, hüö ya n'isi ya, otu ugboro, were kwuo sï: "Anyï mee elu, mee ala, ndü anyï."

Ya were ume öjï ahü lusa n'ökpösï ndï okenye ö na-enye nsöpürü, sï: "Ökpösï nnaa, taranü öjï. Ogbu m n'ükpörö, mma ya atüla nkö. Onye sï anyï na ya ga-ala, ya lakwaa ükpörö. Osisi na-ahü anyï ata öchïchï ya forokwa n'ukwu."

Ya na-agö öfö, Nwüwa na-ekwe "Haa! Haa!"

Oge ha na-ata öjï, Nwüwa elee Ike Eze anya, mumurie önü öchï, tuo ya etutu aha ya: "Anya sögwe dike!"

Ike Eze emumurie önü öchï nke ya, zaa: "Nwunye ya ga-alïkwa ya ölïlï."

Ya etuo Nwüwa etutu nke ya: "Di na nwunye jide nnu!" Nwüwa azaa: "Ha nwere ike ïta nkïrïka ute." Nke ahü pütara na di na nwunye bi n'udo ma ö bü nwee ndidi ga-enwe ike idigbu mmekpa ahü öbüla bïara n'ezi na ülö ha.

"Olee ihe na-agbarürü ünü mmiri nke ütütü a? Di anyï, ihe nü dïrï m ö dïkwuru gï?"

"Ï sï ö dïkwuru m?" Ike Eze jüghachïrï ya. "Werenü anya gï lere." "Ezidi ahïara di ya önü, kwuo n'olu ala, "Ö hü akaghï," röö ya anya.

Nwüwa elee Ezidi anya n'ihu, sï ya: "Oriakü, a hütübeghï m mgbe i si otu a ekwu okwu mbü. Olee mgbe di gï chiri eze nke iso nna anyï ukwu ha aga ikpe köötï?"

Otu Ezidi na-enweghï ike ïsa ihe öbüla, Ike Eze ewere önü ya köwachaara enyi ukwu ya ihe bü isi okwu. Nwüwa ebido nyewe Ezidi nkasi obi gbasara nwa ya nwanyï, sï: "Ö bü eziokwu na Nwögure alübeghï di. Ö bü nnöö ezigbo nwata nwanyï. Ka o si enyere ünü aka, na-ejere ünü ozi amaka. Ünü ejila ike achü ya."

Ö machaara ha atü gbasara ötütü ümü agböghö bitere aka n'ülö nna ha tupu ha alüö di. O were gwa Ezidi sï na ada ya ga-alü di n'ihi o nweghï örü ma ö bü agwa öjöö üdï nke na-egbochi nwanyï ïlü di.

Ö gwakwara Nwögure ka o tinye alüm di n'echiche obi ya, sï ya: "Ö bü nga di ka nwanyï na-enwe ugwu. Ö bü nga di ka nwanyï na-enwe önü okwu, keta ala ubi, keta nkwü na ükwa, müghee ama. Nwanyï na-amughï nwa dutere ibe ya üwa ukpörö."

Ada Ezeagü ekuo ume akwa, kpöö kikeke akwa, kwee n'isi. Ndï nwoke ahü etinyehere ya önü.

Ike Ezeagü ekele Nwüwa, were sï oriakü ya: "Ezidi, ö bükwa ihe m na-agwa gï oge nile sï ka anyï were nwanyöö?"

Ezidi ekuo ume ike ögwügwü; ö tüpüghï önü.

Oriakü Ike Ezeagü, bü Ezidi, na-emekarï ihe n'ike aka ya. Ö naghï asö anya ma öbü tüö egwu ihe öha ga-ekwu. Umere ya ahü adïzuola mmadü nile njö, ha naa ekwu, naa atamu maka ya.

Otu üböchï, ümünwanyï küchara ogele ha, zuköö n'obi ama Ümüösönjö. Ügwöezuoke, nwunye Anyasö, eguzoro ötö, tisie ike sï: "Egee, -e -i!"

Ndïomi nile azaa: "Elee, he -e -i! Oleru ndïomi, e -e!"

Nke a pütara na ümünwanyï agbaala oleru ha, ya bü na aka ha akwüghï n'ihe öjöö ahü na-emenü.

"Ünü hükwara arü meje n'ama Ümüösönjö ugbu a?" Oriakü Anyasö jürü. Ha azaghachi ya: "A na ezo ya ezo. Ezidi kuru oke dibïa n'agwaghï di ya. Ö na-emekwa nwa ya nwanyï ihe öjöö."

Ümü nwoke ndï bïakwara nzukö ahü etie: "Ihie m e--e-i! Ügbü m kwa!"

Ndïkomi agbakwaa oleru ha. Ikpe were malite.

Öha atülechaa ebubo nile chöpüta na Ezidi dara iwu, kpebie na Ezidi ga-akwa ala. Iji kwaa ala, ö ga-agwörö öha obodo otu ökü akïdï ejiri ügbakala turu ökü gwöö, tükwasï ögbügba nsïkö abüö. Ö gakwa enye otu nnekwu öküko, na öla ise.

Ezidi mere ihe öha kpebiri. Ka ö kwachara ala ahü, o meghïkwa omume öjöö özö. O kwughïkwa okwu öjöö özö gbasara ada ya nwanyï.

# 5

## Nwögure bü onye a ma ama

Oge ahü Nwüwa na-ekwu okwu ndümödü ya ka a küchara uri ejiri chetere ndï mmadü sï ehihie ezi ahü ga-abü übōchï egwu. Nwögure bü onye na-eme öka n'ötütü ihe. Ö bükwa onye olu ütö na-ïgü abü, bürükwa onye na-agba egwu nke öma. Oge ndï ala anyï gbara uri a na-akpö ökwa, ö bü Nwögure ka ötütü mmadü na-abïa ilere. Ötütü mmadü na-akpö ya Löölö-ure. Ha bïa n'ögbö uri, lee anya ahüghï Nwögure, ihe ï ga-anü bü ka ha na-ajü sï: "O leekwanü Löölöure, Ada Ike Ezeagü?"

Mgbe ö bïawara n'uri, Nwokoro Edoziem, ma ö bü Anünwanyï Nwüwa bü ndï na-agü uri ahü, etuo ya aha uri ya sï:

> Nji bü üha goro ka ube, bïawa
>
> Onye öma erekere mma na-egbu ka mmanya
>
> Nwögure bü ebiri m, bïawa.
>
> Aga m ekele gï ekele nke öma.
>
> Ole anya bïa lere "ndï agbachata"
>
> Ümü anyï ndïomi bü a hörö ahö a hörö ahö.

Ndï kacha egwu agba ka ha na-akpö "ndï agbachata."

Mgbe Nwögure batara n'ögbö uri, ïnyanga nwa na-ete egwu, anya nile awülachaa ebe ö nö. Uri edoro, ekwe, ogwe, ogele, udu, na ïyörö na-akpötü. Ndï bïara ile anya edere jii. Nwögure na-ete n'ubo, ero n'isi. Üda olu Nwokoro na nke Anünwanyï na-enye ha okwu önü. Ndï olu ütö abüö ahü na-agü nkwa, naa-ekele ndï mmadü ekele, etu ha aha öma. Ha nwere ihe dï mma ha kwuru

maka onye öbüla. Mü onwe m bü nwata ka ha sïrï: "Mbaneto Izuögü m, nwa öma! Nwata nta ahü dï mma, wügharïwa."

Anünwanyï tuo Nwokoro aha, sï ya, "Mkpïrïsï igwe ekwe mgbaji, ï na-ahükwa sï anya ndï bïara abïa elekaala m ahü?"

Nwokoro etughasï ya, sï: "Ebiribi ojii dï ibe mma, kwüdo; anya mmadü anaghï achü ibe ya."

Nna m ka ha sïrï: "Izuögü, nwa Asönye, anyï ekelee! Eze nwoke nwere agada, ndewo." Maka Chimerelem Dede ha güö: "Oji ngwa Dede, nwa öma, nwata nta mma zuru ahü, gbagharïwa."

Egwu dasikata ike, Nwögure ahapü usoro uri baa n'etiti ögbö uri, na-agba ka edekere. Mmadü dum na-ele ya anya, ero otu o si ero, akwa ka o si akwa. Ya rolaa ihu, ha erolaa ihu; ya kwalaa azü, ha akwalaa azü.

Ndï olu ütö ahü ekelesie ya ike:

Löölö ure, nwata ibe m, ï bïala!
Nwa Chioke bi na Nkwö, birima.
Asïï na ï bïaghï taa, ama m ahapülanü ökwa.
Mkpara igwe anya na-ele, birima!
Ole anya bïa lere ndï agbachata,
Nwanyï nï bü sö mma abïala nï-o!

Nwa agböghö ahü gbapütara ihe n'emume dum e mere n'ama anyï oge ahü. Nke ahü mere ka ndï ögü-nkwa abüö ahü kpöö ya aha, kele kwaa ya karïa otu ha kelere onye öbüla özö. Ha kelekata ndï dï ndü, ha chetakwa ümü ibe ha ndï nwürü anwü, kpöö ha aha, na-asï:

Ndï mara mma anwügbaala nü ahü.
Ndï siri ike alachaala nï mmüö.
Ö ga-afödü anyï na ndï sebere esebere.
Akwa a na-ebere üwa eru na chi, ï nü!
Üwa anüghï akwa anyï na-ebe ma ölï!
Ekpewerechi, nwa nne nke mü o-o,

Sï nü örïa gbam n'ahü o,
Ka m lere ibe m.

# 6

## Nwögure na-aköcha ndï lürü di

Öbüghï söösö ïgba uri ka Nwögure na-emeta nke öma; ö na-agükwa uri, güta ya ike. Mgbe öbüla ö güwara agügü önü ya, obi na-atö mü na ümüaka ibe m ütö. Örü übi belata, Nwögure na-anö n'ülö na-akpü ite. Ö kpüwa ite, ma ö bü mewe ihe öbüla özö oge ö nö n'ülö, önü ya anaghï anö nkïtï. Ö na-agü uri. Ya güchaa otu uri, ya ebide uri özö. Ö na-ewute m nke ukwu etu m siri chefuchaa ötütü uri öma Nwögure güürü anyï, ya na ezigbo ube-egbe ndïkom na ube-elo ndïomi bere n'oge ahü mgbe a na-eme nnukwu emume dï ka ïbö üzö na ïkwa ozu.

Ube-egbe na ube-elo bü okwu a na-eji agügü-önü ekwuru öha. Ube ndï a nwere ike ïkpalite nwoke ya arüsie örü ike, ma ö bü lüö ögü, ma ö bü gbapü egbe ya na-atüghï egwu.

Mgbe mü na ümüaka ibe m bü ökpa nwa, oge nne anyï ha jere ahïa ütïï-dï ka Eke Ego ma ö bü Afö Ümüöda-ümünne anyï nta bekata akwa, anyi ekuru ha jekwuru Nwögure ebe ö nö na-akpü ite, agü abü ya. Ya kuru ümü ntakïrï ahü n'aka ya, ya akpöörö ha oro-önü, ha nile araha üra, pïïï.

Nke a bü otu n'ime uri ndï ö na agürü ümüaka iji kpöörö ha oro-önü:

> Nne nne jere üzö Egbelu,
> Je gaa igbute ükpara ngü.
> Ükpara ngü na-eri n'önü
> Mü na nwune m nta erie isi ya!
> Ümü ndï özö erie nsï ya!

Oge ö na-agü nke ahü, egbe ma ö bü anü öhïa nwere ike chüsuo ökükö, ha efelie, mee mkpötü. Nwögure ga-akwüsï uri nke ahü, bido were egbe ahü güwakwa uri özö:

Onye na-eme ökükö ahü -o?
Ö bü egbe ka ö bü ugo?
Ka ö bü nnünü eru-ka-eru?
Ka ö bü obere n'ödü igu?
O liela ka ö libighï?
Kpaa, kpaa, ha-a, hö-ï!

Mgbe üfödü, o lee nwatakïrï na-ebe akwa anya n'ihu, sï ya:

Nwata eberele m, eberele m!
Nne gï kuru gï, bewere ya!
Nna gï kuru gï, bewere ya!
Mü kuru gï, eberele m!
Ï na-ebere m, a bü m nne gï?
Ï na-ebere m, a bü m nna gï?

Oge ö na-agü agügü önü ya, ihe öbüla ö hürü ö ga-eji ya güö uri, uri ahü adazie, maa mma.

Otu üböchï, o ku nwata na-ebe akwa, üdara adaa n'üzö ama. Ndï ökpa-nwa agbaa ösö ka ha gaa tütürü üdara ahü. Ada Ike Eze jikwara üdara ahü güö oro-önü, sï:

Üdara dara n'ama nna m,
Nwoke apüta, tütürü.
Nwanyï apüta, tütürü.
M sï mü atütürü nke m,
Ya daa m n'isi kpororom!
Daa m n'ödü gererem!
Nke dara m n'isi, sï m bewe.

Nke dara m n'ödü, sï m küö.
Ebe m ebe, ka akü m akü!
Oke nkïta m chüwa öhïa,
Ma mü lewe gï anya n'ödü!
Rïö! Rïö! Rïö!
Ma m lewe gï anya n'ödü
Rïö! Rïö!

Nwögure hürü ümüaka n'anya nke ukwu. Ya ka ojiri tüö m n'anya na Nwögure achoghï ilü di, mürü ümü nke ya.

Otu üböchi Nkweke zuru ohi. Iji mee ka onye öbüla tüö egwu izu osi, Nwögure jiri agügü önü ya köö akükö Omekaoji, onye ohi.

Otu onye ohi na ezu ka oke,
E dowe ji, ya gaa were,
E dowe ede, ya chibiri.
Ihe ndï özö ka ö na-ezu eri.
Na ehihie ndï örü na-aga,
Ya baa gaa labagha;
Na abalï ndï üra na-ehi,
Ya püta na-akpagharï.

Echewe ya, ya akwarïa;
E hiwe üra ya eghepüta,
Gaa kwara, gaa zuchaa.
A tüchie üzö ya atüpüga.

Ihe o hürü ya ga-zuo.
Ya zuru, ya rie, buo.
Onye nwe ihe na-adölïgha,
Ya n'onwe ya na-akwönyigha.

Atürü ukwu Önwüasöanya,
Na Nwökïrï Mmadüwüike
Ka o gburu gaa zuchaa,
Were mma na-akü n'ökpü ya.

Akpöö otiti, ya gbapüta,
Soro ibe na-achösasa.
Onye ö hürü ya elegide,
So öra obodo na-achü mberede.

Mgbe o buru ihe ohi ya löbata,
Oriakü ya agbapüta,
Nara obukwu gaa bulie,
Ha na ümü aga gbazarie.

Otu üböchï ka e gwusürü ya,
Öha güpütara iwu ala ha
Onye ji öfö, o wepüta
Onye ji ogu, o wepüta.

Öfö na ogu ka ha ga-eji achö.
N'ütütü ha gaa zuköö
Gürü öjï ala tachaa, loo,
Onye mmehie ö nwuo fuo.

Onye ürü ahü tara öjï, ala ataa,
O teghï anya ya ghepüta,
Ghere gaa nga Emembörö,
Ka ö chöö ihe ö ga-ahörö.

Ndï nche nö n'önü üzö ya,
Ha buru üda n'aka nke ha.
Rïa, na-eche mbata nke ya.
Ndï dï n'ülö na-ehiri üra.

Mgbe o chere na oge ya adüla
Onye ohi ahü eghepüta,
Jee n'üzö gaa ïtüpü ya.

Ndï nche ahü esi na azü,
Küö ya üda n'isi na n'aka.
O nweghïkwa ike ïgba egbe ya.

Ha kpöö, tie; ndï öha a püta.
Ha lee ya anya kpö ya aha ya,
Sï: "Omekaoji, i mebigala."

Ha were ntu na-aghö ka ogwu,
Kpöba ya n'isi na n'ubu.
O tiri gbara gbara na-ajübije,
Laruo gaa kubie.

Ndï mmadü na akpü n'ubu,
Sï ihe o metere ö gaa buru.

Chekweelenu, oriakü ya,
Mgbe ö gachaa ahïa, si-alöta,
Asüduo ude na-ekubije,
Akwa ujishi ka ö ga na-ebe.

Ewuo, ewuo ndo!
Omekaoji anwüfugo!
Onye ohi ujishi, zubiri!
Ï maghï ezi ö ga-abü nke gï.

Ke mgbe o siri nwüfuchaa,
Ö dïghïkwa onye na akpa n'acha,

Elu na ala na-adï n'udo.
Onye baa ülö, ya ehie n'udo.

Ötütü mgbe, Nwögure jiri alüghï di ya güö uri, meekwaa önü. A gbasaa uri, ndï gbara uri na-atöpü übïa ha, chïrï ha n'aka laa. Nwögure anaghï agbapü übïa nke ya; kama ö na-agba ya n'ükwü na-ala. Oge ahü ka ndïomi alürü n'ama anyï na-aküchara aka ya, na-aja ya, na-ekele ya ka o siri gbaa egwu törö mmadü dum obi ütö. A na-aja ya, na-eto ya, Nwögure na-ekwe n'isi, na-ajakwa onwe ya mma, na-asï:

Ada a na-eji ama atü, Ada Ezeagü!
Nwa-aghaghï-agha n'agböghö!
Ori nga nna, Nwa Ike Eze!
Afö m ga-alö üwa,
A ga-amü m nga ndï ukwu.
Obi ukwu ejighï akü, ya ejide uri öma!

# 7

## Ejiri Nwögure röö uri

Ötütü mgbe ka Nwögure na-aköchasa ümü agbög̈hö na-alü di n'oge, naa-akpö ha nwa eru-eru ala di. Otu üböchï ö kpörö ha aha ahü, otu nime ndï nwanyï ahü ö na-aköchasa, aha ya bü Nnaalü Ekenaka, zara ya, sï:

"Mgbe nwoke gosiri nwanyï ezi ïhunanya, o kwesiri ïnata ïhunanya dï mma n'aka nwanyï ahü. Mü ghara iji ïhunanya kwüö ügwö ïhunanya, adï m ka avüvü mmiri magburu na-ekweghï ire ökü."

Ümü ndïomi nile ekesie öchï ike, sï na Nnaalü kwuru ezi okwu.

Nwögure aröö ha anya, miere ha önü, jüö ha, sï: "Nwa eru-eru alü di, ünü toro agbög̈hö ole mgbe?"

Ajüjü a Nwögure na-ajü na nköcha ö na-aköchasa ibe ya mere ka ha were ümü ümünwanyï ndï ahü iwe, ha kweköröta iji Nwögure güö uri.

Emume Önwa Ishii bü aha a na-akpö emume kachasï ibe ya ndï Ümünumo na-eme n'afö n'afö. Mgbe ahü ka a na-aböchasa üzö dum, ime ahïa, üzö iyi na ihu agbara nile. A na-emezu emume önwa ishii ahü izu atö. A na-akpü nnukwu öbïa, agba uri dï iche iche; ndï ögö na ndï enyi na-ewtakwa onyinye. Ha na-eweta ji, nnu, ego, na mmanya. Mgbe a na-eme emume a, ndï ümü ökpü anyï-ya bü ümü ndïomi a mürü n'ala anyï-na-esi ebeke di ha, kuru ümü ntakïrï ha, bïa n'ülö nna ha.

Na ngwücha emume ahü ümüaka na-agürü uri gaa n'ülö ndï mmadü, güöra ha uri ekele, egwu ömümü, ma ö bü uri ngözi.

Ha na-agükwa uri nkwükwö. Nkwükwö bü erimeri e jiri ömïrïmï ahïhïa ede na ji mbala sie. Nwanyï öbüla n'oge ahü maara ka e si esi ya. Nwanyï chörö isi nkwükwö ga-akürü ömïrïmï ahïhïa ede, püö ji mbala apüö. Ö bïa füghasïa ömïrïmï ahïhïa ede ahü, were otu otu na-ekechi ji ahü a pürü apü. Ö na-ewere mma ma ö bü ngaji ekuru apürü apü ji ntakïrï, otu otu ahïhïa ede ga-ekechi, na-afüchi ha, etinye ha n'ime ite. O mechaa nke ahü, o tinye mmiri n'ite ahü siwe ya n'ökü. O nwere ike isibö ya chi.

Oge a na-agwö nkwükwö, a na-egwe oso na nnu na ogiri, bïa were ji ahü e kere eke, e siri esi, tinye n'ökü, were eku söpïasïa ha na ömïrïmï ahïhïa ede ahü ghepïachara eghepïa, tinye mmanü eketeke, gwöö ya.

Emezichaa nkwükwö ndï ezi na ülö ahü ga-eri nke ha, dotekwa nke a ga-enye ndï öbïa, na nke a ga-enye ümüaka ga-agü egwu nkwükwö. Ezie, nkwükwö bü nri na-ekwesïghï ka anyï ghara iri.

Ka ümü ökpü anyï bïara emume önwa ishii, hü Nwögure ka ö na-akpöga, na-aja onwe ya mma, na-asï:

> O bi nga nna ka ibe mma,
> Nwagböghö mma ya na-anaghï echu echu!

Otu nwanyï alü-alü aküchara ya aka kpöö ya: "Ihu-akö-uri, nwa Ezeagü!" Nwögure akükepü öchi öma ya; eze ya egbupü amüma ka öla öcha. Ö dakürü nwanyï ahü kpörö ya ihu-akö-uri, obi na-atö ya ütö. Nke ahü mere ka ümü ökpü ibe ya ndï ahü mücharala ümü n'ülö di ha, leritaa onwe ha anya, jüö, sï: "Nwögure, ï nötökwa n'ala a na-ede ike uri, ajakïsï eze?"

Ha were zuköö n'ukwu ügba ukwu, gbaa örïrï. Mgbe ha pütara, ha jiri Nwögure güö uri:

**Uri ejiri Nwögure röö**

Nwögure, Ada Ike! Nwögure, Ada Ike Eze!
Ökpa nga anyï ma ndï öchï amaghï mgbe iwe na-ewe obi!
Nwögure, nwa Ike Eze, akökwala m önü özö!
'Nwa eru-eru ala di,' mü 'toro agböghö ole mgbe'?

Ihe m hürü n'ure di ö bü ihe m ga-akörö gï?

Ökpa nga onye ögaranya, ya chiwe ntï!
Mana ö bü ya ekwupele önü.
Önü ghara ïna-ekwu üka, ï makwa sï iwe gadïrï igbu obi!
Nwögure, nwa Ike Eze nö nga nna ya ede ike uri,
Nö nga nna arïö uhie okwe, ndï ö törö na-ala di.
Ndï ö törö na-ala di, ya na-aja ha eze n'ekwu.
Ya düö oke nkïta, ya mie önü, ya mie imi.
Ö na-emi önü na imi, ö makwa na nka bü n'Eke n'Eke?
Ndï ahü na-achï öchï ga-enwe ihe ha ji eku ïbara.

Ïlachu di bü orure, ïtüchu ime bü ïbara.
Amügbuo nwa, atüö uze.
Mana amüka nwa, eze awaa öchï.
Mgbe afö mürü nwa ga-eri uru,
Nke tara nwa ga-agba önü . . . agba önü.
Nke tara nwa ga-agba önü.

Nwögure, Ada Ike Eze, ï ga-alü di ole mgbe?
Oche nke ö ga-eme echi, ï na-echetakwa nwa ökpa hïam?
Ara küö agböghö, ike ya egee,
Eze ree agböghö, ö ga-eke öchï?
Ome igwuruba me ngwa; anwü waa, igwuruba efelie!
Ihe m hürü n'ure di ö bü ihe m ga-akörö gï?
Ara dï m n'obi di m hürü, o kwehuru m zuru ike?
Öchï m chïrï n'eze önü m a chüchara ya üra abalï!
Onye hürü nke ö hürü gbakwa nkïtï,
Mgbe chi ya börö anyï aköwa.

Ïlachu di na amüghï nwa, olee nke ka ibe ya njö?
Nwanyï jiri nganga ghara ïmü nwa
    mere onwe ya üsü ahïa.
Önwü gbuo nwanyï aga, gbuo di ya,
Ö zaala ime ülö, kpoo ntü . . . kpoo ntü . . .
Ö zaala ime ülö, kpoo ntü-ö!

Nwögure, nwa Ike Eze, Nwögure, nwa Ike!
Mgbe ümü m ga-echi m eze, eze-ego ga-eju m olu
E zute m n'üzö, e nye m ugwu!
Gï hü m n'üzö, ï kpöö kum!
Nwögure, nwa Ike Eze, zakwaala m, kaa, ï nwüghï!
Ihe e nyere nwanyï hïara ya di, ihe öwü ö tö ölïa?
Di bü ure; di bü ugwu; ihe di nyere m, mü anara.

Nwögure Ada Ike, gï mepü m önüma, m gwa gï okwu.
Gï mepü m önüma, m gwa gï okwu, atakwala m üta,
    taa onwe gï.
Ada were nganga jü ïlü di, onye akwüö ügwö ji
    nna ya o riri?
Ofe öma talaa n'ite, olee uru a ga-enwe na ya?
Ada ö na-aka nka n'ülö nna ya,
    ö ga-abü nwunye-di nne ya?

E jewe örü, ekoo üka; e riwe nri, a lüö ögü!
Afö mürü nwanyï na-alüghï dï,
Ezidi, ahïa asüla gï, o-o!
Ala chüö di oke nkïta, a ghara ilü di öbö.
Onye metere ihe dïzu üwa mma,
Bïa fote ajï n'öbö aka m!

Üwa mma, üwa mma-o, üwa mma

Bïa fote m ajï n'öbö aka, o!

Mgbe ha güwara abü ahü, ötütü mmadü zukörö ilere ha, na igere ihe ha na-agü. Nwögure na nne ya sokwere nürü uri ahü tupu ha soro ndï özö laa.

Uri ahü wutere Ezidi, mee ya ihere n'ihi onye a na-aköbö onye ülö ya na-ekpu aka n'ihu, ihere na-eme ya. Ndï okii sï: "Onye onye ya na-agba ajö uri, ökö iku na-akö ya."

Ümü ökpü ahü gükwara uri ahü özö nime Afö Ebu, gbakwaa ya özö na Nkwö Ümünumo. Uri ahü törö ütö nke ukwu, mekwaa mkpötü n'obodo izu ahü. Otu mmadü nile marala akükö gbasara Nwögure na alüghï di ya, ö dïghïkwa onye chörö ka a köwaara ya ihe abü ahü pütara. Mmadü dum jiri ya mere isi okwu nke afö ahü.

N'ütütü sotere üböchï uri ahü dapütasuru, ihe a nürü ebe nile na n'önü onye öbüla buzï uri maka Nwögure. Ümü ndïomi gaje iyi ütütü, ya ka ha na-agü; ndïkomi na-akü nkwü füwa mkpörö-öhïhï, ya ka ha kpü n'önü. Nwata nwoke ma ö bü nwata nwanyï nke na-akpa nri eghu ma ö bü nke na-etu nkü, ya ka ö na-agü. Ebe nile, n'üzö örü ma n'üzö ahïa, uri a na-anü bü "Nwögure, Ada Ike Eze, bi nga nna ede ike uri, ndï ö törö naa-ala di."

Okwu nile Ezidi körö Nwögure, esemokwu nile dara n'etiti ha, na ögü nne na nwa nke gaara iwebata ajö ügwö n'agbata ha, enweghï nke kpalitere Nwögure agürü ïlü di. Nwögure chere sï o nweghï mba-ögü ma ö bü mmanye ga-eme ka ya lüö di were ruo mgbe ya chörö. Ugbu a, uri e jiri ya gü akarïchaala ihe ndï ö dï mbü anü, nke na-emeghï ya ihere, ma ö bü chuo ya üra.

Ugbu a ö nüjuole okwu nköbösï ntï. Ö naghï ehikwa üra; ö naghï esokwa ümü nna ya ndïkomi anö n'ogwe osisi dï n'ama ha. Ö naghï esokwa ha akpa okwe ala ma ö bü soro ha na-akarï üka. Ije ya ga-abüzï nke nanï ya. Ö nökata, o kupü ume ike ögwügwü dï ka onye ihe ghörö.

Nwögure anaghï apütakwa üzö ama. Nke a mere ka ndï enyi ya si Nsü na Ehime bïa leta ya, na-kasie ya obi, na-sïkwa ya: "Loloure, soro anyï laa; nötürü anyï ruo mgbe uri ahü gafetürü."

Nwögure akpaa aka na ntï sï ha ekwukwala ihe ahü özö, n'ihi na ime otu ahü bü ïgba onwe ya oshi, igosi öha onwe ya, dï ka e siri gba aha ya oshi.

O were na-aga dï ka ökpö-olu. Ö gaghï eso ndï ümü agböghö nta: ha büghï ögbö ya; ö naghï eso ndïomi alü alü ije: ije ekwesïghïrï ya na ha. Ö naghï esokwa ndïkomi ö dï mbü eso n'ihi ümü ibe ya aköbööla ya. Ebe öbüla o chere ntï, uri ahü e ji aha ya agü na-adasi ike, na-emetü ya n'obi karïa. Ndï na-atü ilü sï: "Agadi nwanyï sïrï na ya agaghï agba ösö, ga-gba ya ma eghu buru ede-anwürü ya." Ugbu a ka mmadü nile jiri mara na Nwögure bü onye ihere. O bido tawa ahü. Onwe ya agbawa ya njö. O were na-echemi echiche gbasara uri ahü.

# 8

## Ümü m ga-echi m eze

"Mgbe ümü m ga-echi m eze, eze-ego ga-eju m olu." Okwu a metürü Nwögure n'obi karïchaa ihe ndï özö a gürü n'uri ahü.

O were cheta üböchï ümü Ihematülam meere ya emume echichi obi ütö ahü, chetakwa ka ugwu nwanyï ahü siri karïchaa ke mgbe ahü. Gïnï bü echichi eze ümü na-echi nne ha nke na-eme ka eze-ego, ma öbü önyïma, ju ya olu? Öbü ihe ahü ndï ögö mmö na-anya n'olu? Mba! Ö bü ïgazu ma ö bü ïwa önyïma. A na-awara nwanyï önyïma mgbe o mere agadi. Ndï ugbu a na-akpö emume a "Ori-na-ndü," makana a na-emere ya nne na nna mgbe ahü siri ha ike, öbüghïkwa mgbe ha kafere oke nka.

Mgbe a na-wara nwanyï önyïma, ümü ya na ümü ümü ya na-ezuköchaa, ndï ögö na ndï enyi na-abïakwa. Ötütü mmadü si n'ogbe ebe amürü nwanyï ahü na-abïa. A na-egbu otu nne eghu ahü zuru oke, nke gbara abüba. Ümü ümü nwanyï ahü ndï nke na enyebeghï ya ökükö na-egburu ya nnukwu ökükö n'otu n'otu. Anü oriri na-eju ngïga ya. Ihe oriri ndï özö na-eju ebe nile.

Nwanyï ahü na-akpökwa ümü ndïomi abürü ya ndï lürü di n'agbata-obi ya ka ha bïa lere ka ümü ya si emere ya emume obi ütö ahü.

Gï bïa n'ezi na ülö a na-agazu önyïma, ihe ï ga-anü bü söösö okwu öma, egwu na öchi, na egwu ö¤ü. Ndïkomi bi n'ogbe ahü na-ebukö mmanya, ndïomi na-ebukö ngü. A na-eri, a na-a¤ü, na-eme ïbara. Ndïomi na-agü uri ö¤ü-nwa dï ka "Oke nwa akwala m," "Ünü na-eri sï ünü mere ke? Anyï na-eri sï anyï mürü nwa," "Eduba nwanyï nga dï mma, ö dï ka e jiri ohu duo ya ülö,"

na ötütü uri ndï özö na-aköwazi nke öma sï, n'eziokwu, ömümü bü ezi onyinye si na Chi.

Abökasachaa anü dum ahü e nye afö mürü ümü nke ya, nye ndï ümü nna ya nke ha, ndï nwe ogbe ahü ekesarie nke ha. Ndï nile si n'afö nwanyï ahü, ümü ya na ümü ümü ya, ga-atürü ya ego. Mgbe ahü ka a ga-agara ya ihe ö ga-anya n'olu. A na-agaköta eze-ego ahü na önyïma ahü e jiri igwe mee. Ümü ya na ümü ha dïrï ötütü, mkpürü ego ayörö ahü, bü ihe a na-akpö eze-ego, ga-aga olu ya gburu gburu. Ö bü n'oge a ka a na-asi eze-ego juru ya olu, na enye ya ugwu. Onye zutere ya n'üzö amara ozugbo na o nwere ötütü mmadü. Ndï na-enweghï ümü ga-eme ha otu ahü na-akpö kum.

Agadi nwanyï ahü ga-ebido nwee ahü ike. Ö bürü na ö na-arïa ike ögwügwü, ö ga-agbake. Ndï mmadü echee sï ö bü aja nile ahü e jiri öküko na eghu chüö nyere ya ahü ike. Ö dïghï! Ö büghï n'ihi aja ka nwanyï ahü jiri gbakee. Ö bü site na-iri anü ökükö nile ahü e bidoro nyewe ya site mgbe e bidoro kwuwe okwu ïwa önyïma; ö bü obi a¤üri o nwere maka emume oriri na ö¤ü¤ü ahü a ga-eme, njisike o jiri gagharïa ma ö bü tinye önü n'aküko ndï ezi na ülö ya mgbe ha na-ekwu okwu, na obisike na okwukwe o nwere sï ihe ahü a ga-eme ga-adï ya ahü mma. Ö bü ihe ndï ahü mere ka o nwee ahü ike.

Nwögure echegharïchara uche gbasara uru a na-enwe na nwa, chee übochï ikpeazü nke nwanyï na-enweghï nwa. Agürü ïbü nne agüwa ya. Ö marala na ya agaghï abü nne na-abüghï nwunye, n'ihi na agböghö ïtü ime na-enweghï di bü omerü. O were na-eche oke echiche.

# 9

## Nwögure ekwere ïlü di

Ka iku ume ike ögwügwü na üra ichuchu siri gbulöö Nwögure ahü wutere nna ya bü Ike Ezeagü nke ukwu. Ya nökata, o jekwuru ada ya ö hürü n'anya, na-akasi ya obi, na-akpürü ya mkpü, na-echetara ya na o nweghï ihe bü ihe öhürü n'okpuru igwe. Ö gwara ya sï: "O nweghï ihe a nürü n'üwa ntï echie. Ikiti mmiri sükata, ö gbachaa; ufere fekata, üböchï adaa jii.

"Nwa m, nwee ndidi, mesaa ahü, gagharïa ka oyi ghara ïbïa gï. Oge ga-abïa mgbe önü kwuru njö ga-ekwu mma."

"Dede," Nwögure na-akpö nna ya, akpö kikeke akwa, ehichakwa anya mmiri ya. "Ö bü n'ihi gï na Önüekwugbulem, nwanne m nwoke, ka m jiri ghara ïga daa mmiri ma ö bü kwüö üdö."

Ike Ezeagü akpöö nwa ya, jüö ya sï: "Ada, ö bü ï gaghï alü di?"

Nwögure azaa: "Dede, aga m alü di, mana o nwere onye nürü ihe ndï a ha jiri m gü ga-abïa ïlü m?"

"Ö dïghï okwu öjöö na-emebi aha mmadü ha kwuru maka gï," nna ya köwara ya. "Ha asïghï gï na-ezu ohi, ma ö bü na ï na-aga ötïrï ükwü, ma ö bü na-ekwu oghori önü. Ha asïghï na gï bü enwo sö egu ögü na-enweghï ike örü. Ha ekwughï sï gï nwere örü n'ahü gï, ma ö bü nwee ajö örïa nke ga-eme ka nwoke ghara ïlü gï özö. Ha jiri uri ha taa gï üta n'ihi ï chöghï ïlü di."

Ike Eze ajükwaa ada ya özö sï: "Ö pütara na ï gaghï alü di?"

Nwögure ekuo ume akwa ö na-ebe, gwa nna ya ka ö chötara ya di bü ezigbo mmadü sï n'ezi na ülö dï mma.

# 10

## Nwögure ejee nnötü

Site mgbe a mürü Nwögure, si na nwata topüta agböghö, o nweghï mgbe o kwere ije ka ö ga-anotürü ndï abürü ha, ikwu nne ya, ma ö bü ikwu nna ya. Oge ahü ülö akwükwö na adïbeghï, agböghöbïa öbüla nwere efe na-eje na mba özö, ebe nne ya ma ö bü nna ya nwere "nkükü mmadü," ya bü ndï ha na ha bü otü abürü, gaa binyere ha otu izu ma ö bü önwa. Ada Ezeagü emeghï otu ahü n'ihi na ülö nna ya jukarïrï ya afö, atö ya ka nnu.

Ugbu a, ka o chechara echiche, ya agwa nna ya na ya chörö ïga Amaköhïa Ihite, ebe nwanne nwanyï nne ya aha ya bü Üwaadïkaechere, onye ndï madü na-akpökarï Adïka. Mgbe Ike Eze nürü nke a, ebere meere ya maka ada ya, n'ihi na ö ghötara sï oke echiche abööla ya obi. Ya akösara oriakü ya ihe Ada kwuru. Ezidi amaa ösü, röbiri anya, jüö sï: "Ö ga-anöbö chi ebe ahü!"

Nwögure agawa ïkpa isi ya.

Ike Eze gbara mbö jee Amaköhïa gaa gwa Adïka na di ya na Nwögure chörö ïbïara ha nnötü.

"Biko lezienü ya anya! Obi dï ya njö. Ana m elegide ya anya oge nile."

Adïka na Iroadümba bü di ya ¤ürïrï ö¤ü, kwee nkwa na ha ga-elezi Ada Ike Eze anya, chötakwara ya di n'ogbe ha ma ö chöö.

N'oge ehihie ka Nwögure buru abö nkü ö wara awa rute n'ülö Iroadümba. ümü agböghö Amaköhïa hürü nwagböghö ahü ka ö na-abïa na-abata n'ezi Iroadümba, soro ya baa, gaa jüö onye ö bü. A gwara ha na ö bü

Löölöure, Ada Ike Ezeagü, onye Ümüökïrï, Ümünumo. Ndï lerechaa ya, kelechaa ya, ha ga-gwa ibe ha. Ümü okorobïa sokwara na-abïa. Igwe mmadü na-aza, na-enuba n'ülö Iroadümba dï ka ebe nnukwu ihe mere.

Mgbe ha na-alaghachi, ha na-ekwu maka agböghö ahü. Üfödü kwuru maka ihu ya, ndï ekwuo maka isi ö kpara, ndï özö na-ekwu maka eze öma ya na öchï ya. Ha dum kwuru maka mma ya na-enweghï ö-dï-ka. Ö bü n'ezi Iroadümba ka a gbara egwu önwa nke anyasü ehi ahü. O nwere ümü okorobïa jere na nzuzu gwa Adïka ka onyere ha aka ilü nwa ahü.

Mgbe ha gara ïba ülö ïrahü üra, oriakü Iroadümba gwara ümü ya ndïomi abüö ka ha je hie üra ebe özö. Ya na Nwögure hiri üra. Tupu chi aböö, ö köörö ya akükö gbasara ümü okorobïa tosïrï eto, ndï na-alübeghï nwunye chöga ïlü onye dï ka ya, na kwa ndï lürüla nwunye, otu ha si elezi nwunye ha anya nke öma, were gwa ya sï: "A ga-alü gï n'obi anyï ebe a."

Nwögure kelere nwanne nne ya ahü maka obi öma o ji n'ebe ö nö, sï ya: "Dada, ana m ekele gï maka obi öma gï n'ebe m nö. A na m arïö ka onye öbüla ghara iche na m bïara ïchö di ebe a. Abïara m izurütü ike. Agaghï m eji ike achü di ahü. Aga m eji nwayöö."

N'ütütü, ka ha richara nri, Dada ya gwara ya ka ya na nwa ya nwanyï nke nta, aha ya bü Ebere, nödü n'ülö, ka ya bü Adïka na ndï özö jee örü. Ö köwaaara Nwögure na örü ahü dï anya. "A na-agafe Löwa, fee Ümüchakü. Zuru ike n'ülö."

Ada Ike Eze jürü ajü, were gwa ya sï: "Dada, ö büghï izu ike nke örü ka m na-ekwu. Aga m eso ünü jee örü. Obi ga-aka isi m ike ma mü soro jee örü."

O were soro jee örü. N'ime örü ahü ka ndï ya na ha so örü hürü na o nweghï nwanyï nwere ike örü dï ka Nwögure.

Nwögure nözuru izu atö n'ülö Iroadümba, na-eso aga örü. Mana ö nözughï otu izu mgbe agürü ihü Nwögure anya bidoro güwa nne ya. O were zipü Udoezi ka ö ga-leta ma "Nne di ya" ö dïkwa mma. "Nne di m" bü ihe oriakü Ike Ezeagü na-akpö nwa ya nwanyï mgbe ö na emere ya obi öma. Ozi ahü o ziri Udoezi törö dï ya ütö n'ihi na ö na-eche oke uche banyere ada ya

onye n'onwebeghï mgbe ö nörö üböchï atö na mba özö. Mgbe Udoezi lötara, köörö ha na ahü di Nwögure ike, obi esie ha nile ike.

Mgbe öbüla a lötara örü, n'oge ehihie, ümü okorobïa na ümü agböghöbïa na-abïa n'ülö Iroadümba ha na Nwögure na-anö, akö akükö, egwu egwu, na-akpagharï. Ebe ahü ka Nwögure matara na ihe üwa adïghï ka o chere. O were ghötazie aha nwanne nwanyï nne ya nke o bi n'ülö ya a na-akpö Üwaadïkaechere. Ebe ahü ka ö mütakwara sï nwanyï nwere ike ibi nga na-abüghï ülö nna ya, nwekwaa obi a¤ürï. Obi ïlü di were siwe ya ike.

Ka Ada Ike Eze nözuchara izu atö, Dada ya enye ya onyinye dï iche iche, dülaara ya nne ya na nna ya, n'ihi na ha na-eziga Udoezi kwa izu ka ö gaa leta Nwögure ma gwa ya ka ö löta.

Mgbe Nwögure lörutere, ndï mmadü na-abïa n'ülö Ike Eze dï ka o nwere onye biri ihe karïrï afö iri-na-ise n'üzö ije lötaranü ha bïara ileta. Izu atö Nwögure nörö na mba özö büürü ha ogologo oge n'uche. Ïhü Nwögure anya, üda olu ya, na önü öchi ya agüöla ha agürü. Onye bata, o lee ada öma ahü anya, kelee ya, chïa öchï ka o kelegwara ya, chïkwaara ya öchï ya ahü na-enye obi ütö.

Ezidi gosikwara a¤ürï na mbata nwa ya ahü, mana afö ejughï ya. Ö jüöla nwanne ya nwanyï ma a chötarala ada ya di ebe Amaköhïa; nwanne ya a sï mba. O were nwee ndidi üböchï ole-ma-ole. Otu üböchï, ka o chekatara echiche, ö kpöö ada ya ahü oku, jüö ya ihe mere o kwuzïghï okwu alüm di ya ebe o jere: ö bü na ö hüghï ümü okorobïa kwesïrï ekwesi, ka ö bü na ö ga-ebinyere ya ruo önwa ishii nke afö özö, ka ö bü na ö chöghï isi ebe di ya ha kuru nwa ya bïa omume önwa ishii afö ga-abïa abïa.

Oge o ji ajüjü ndï ahü emekasa Ada ahü ka ümü ya ndïkomi abüö, Udoezi na Önüekwugbulem, gbapütara, sï nne ha ya enyekwala nwanne ha nwanyï nsogbu. Ö sö ya, ya biri n'ülö ha.

Nwögure agwa ümü nne ya, sï: "Ünü echerela m. Aga m alü di."

Mgbe nne ya nürü nke a, ya ebilie, jewe ebe Okorie, onye Ala-öcha, ka na ya kpüö mkpü.

# 11

## Okorie abia ïlü Nwögure

Mgbe Okorie nürü na Nwögure ekwerele ïlü di, o buru mmanya bïa nga Ike Eze n'otu ehihie Nkwö Ümünumo. Ngwa ngwa, Ezidi agwöö ügba, bunye di ya ka o ji nye Okorie öjï. O bidokwa isi nri ozugbo. Ö gbaba n'ülö nta ebe Nwögure nö na-atütü mkpürü nkwü, sï ya: "Nne di m, biko, kwekwa ka Okorie lüö gï. Ï marala na o nwere ji nke ukwu, nwekwaa öbü akü, ya bü anü ülö. Ï ga-eriju afö. Nga ya dï mma." Omume ya nile gosiri na ya na Okorie akpaala üka akpaa.

Obi adïghï Ike Eze mma n'ije a Okorie bïara n'ülö ya, n'ihi ö chöghï ka ada ya lüö di jörö njö ahü, akachakwaa onye aka ngü dï ka Okorie. Otu ö bü dimkpa maara onwe ya, ö gbara nkïtï, na-eche ka okwu dapüta, ka ö nürü ihe ada ya ga-asa.

Nwögure ebido güwa uri ebe ö nö na-atütü mkpürü nkwü. Ukwe ya na-adapüta nke öma. Ka nna ya nürü olu o ji agü uri ahü, o kwuo n'olu ala, süö ude, sï: "Onye ma ihe na-adïghï Abba mma, dï Ebu mma?" Na nköwa ilu ahü, ndï Abba göörö agbara ha bü Ebummiri ötütü osu. Okorobïa na agböghöbïa ahü zuru oke, ha machara mma, gbasie ike. Mana ohu ndï ahü nwüchara ngwa ngwa. N'ikpeazü, ndï Abba göörö ya otu udubere mmadü öria zuru ahü nke ha chere na ö gaghï adïbö chi. Esebere mmadü ahü anyaa, gbasie ike, topüta nke öma. Ihe ahü agbagwöjuo mba ahü anya, ha were tüö ilu a. "Onye ma ihe dï Abba mma, na-adïghï Ebu mma, ma ö bü nke na-adïghï Abba mma dï Ebu mma?"

Ike Eze na-echegharï ilu ahü n'obi ya were ruo mgbe o jiri geta nke oma na uri ada ya na-agü bü nke a:

Alum di o! alüm di!
Di were aka-ïkpa küta mmanya,
    mü agakwaghï a¤ü.
Alüm di!

Alüm di!
Di were aka-ïkpa riwe ütara
    mü agakwaghï eri.
Alüm di!

Alüm di!
O ji aka-ïkpa arükwa ögödö,
    ö bü di ö wü?
Alüm di!

Alüm di!
Di okpuru nke nkïtï ka mma,
Di mbubede aka n'alülü di,
    Örïa aküla m, o!
Ka m biriwe otu m bi n'ama anyï
    Örïa aküla m, o!
Ka m kparawa ofe m dörö n'ïkpa nkwö.
    Ha-e-i!
Alüm di!

Mgbe Ike Eze getachara uri ahü nke oma, obi adï ya ütö. O were chïa öchï n'ime obi ya sï uche obi nke ya na nke ada ya bü otu.

Oge ha richara nri, na-a¤ü mmanya, Ada Ezeagü jürü ajü ï¤ü mmanya. Okorie ewere mbele o jiri bute mmanya laa na-ekwughï okwu

öbüla, n'ihi ö nüchara uri ahü ada Ezeagü gürü o jiri köö ya önü. Mgbe ö pürü n'üzö ama, o were mkpörö-hïhï güwa uri ahü ndï ümüada jiri köö Nwögure önü.

Ezidi dürü Nwögure öbö mkpürü üböchï ishii.

Mgbe Okorie lamiri na-afuje mkpörö-hïhï ya, Ike Eze ewere olu iwe taa ada ya üta maka na ojiri örü nwoke mmadü dara na-abüghï ya mere onwe ya na-akö ya önü.

"Ö dïzï ka nne gï na nna gï enyeghï gï ndümödü öbüla ma ö bü küziere gï inye mmadü nsöpürü. Nwögure, i mebööla anyï."

Iwe were Ike Eze nke ukwu. Ö gwa ada ya:  "Kama ï ga-akpa agwa öjöö nke ahü na-etosïghï etosï, Ï gaara agba nkïtï a¤üsïa mmanya, Okorie ekwusïa ihe ö bïara, gï asaa ya sï ödïghï, otu i si asa mbü."

Ike kwugidere na-ele nwa ya anya iwe ökü. Ezidi araa Ike di ya anya sï: "Ö büghï gï na-akwado ihe öjöö nile ö na-eme."

Di ya emee ntï ka ö nüghï ihe o kwuru. Nwögure ebee akwa, rïö nna ya mgbaghara sï: "Nna, biko, emehiele m. Ötütü mgbe ka ï na-adö anyï aka na ntï, na-adü anyï ödü sï anyï achïkwala onye bu örü öchï ma ö bü were örü ahü köö ya önü. Ime otu ahü bü ïta chi kere mmadü üta; ï sïkwara na ndï mgbe ochie kwuru n'önü ha, sï: 'Ökö m önü üwa puru üzö köö chi m."

# 12

## Ngaobiwü ahü Nwögure

Üböchï nke ishii bü ehi Orieagü. Abö ahïa Ezidi gürü dï arü nke ukwu; ö chöö ka Nwögure bujere ya abö ahü n'ahïa tupu ö löta bïa ïga ozi dï n'ülö. Ükwü Nwögure na nne ya dere n'ahïa, otu nwoke Nsü aha ya bü Ngaobiwü ekeele Ezidi na nwa ya ekele, sï: "Nne anyï, ünü abïala ahïa?"

"E-e nnaa! Gï na ahïa," Ezidi na nwa ya zara.

Ngaobiwü ajüö Ezidi: "Onye a gï na ya so, ö bü nwunye nwa gï?"

Ajüjü Ngaobiwü mere ka ihu türüö Nwögure, n'ihi na ö dï ka ajüjü nne ya na-ajü ya oge ha na-ese okwu: "Ï bü nwunye di m?"

Ezidi asüö ude, zaa, sï: "Ö bü nwa m."

Ngaobiwü abïakete ha nso, jüökwa sï: "Olee ebe alü ya?"

"Ö lübeghï di," ka Ezidi kwuru.

"Ö büghï eziokwu," Ngaobiwü kwuru, naa-achï ochï.

Ezidi sï: "E kwuru m ezi okwu."

Ngaobiwü ajüö ya, sï: "I kpudere ya mkpumkpu?"

Ezidi asakwaa ya özö, sï: "Ö bü nwa m. Ö lübeghï dï."

"Ka m bïanü lüö ya," Ngaobiwü kwuru, zösie ükwü ike n'ala.

Ezidi elee nwa ya anya, süö ude, sï: "Ö gaghï ekwe. Ö naghï ekwe ïlü di."

Ngaobiwü adatükwuo Nwögure nso, sï ya: "Ada anyï, mü ga-alü gï, ï na-anü?"

Agböghö ahü emeghee önü öchi; eze ya egbupü amüma ka önwa dï n'igwe. Ö jüö ya: "Ï bükwanü onye?"

Ngaobiwü agwa ya onye ö bü, gwa ya aha nna ya, na ebe ülö ha. O were jüö Nwögure aha ya na aha nna ya. Nwögure elee nne ya anya. Ezidi ewere önü ya gwa nwoke ahü aha nwa ya nwanyï, aha di ya, na aha ogbe ha. Ngaobiwü ekwee n'isi, jühasï Nwögure ma ö gakwa ekwe ïlü ya. Nwögure chïa öchï, sï ya: "Mgbe ï bïara n'ülö anyï."

Ngaobiwü nyere Nwögure ego ayörö ise; ya anara ego ahü, kelee ya. Ha mmadü abüö achïrïtakwa öchï özö. Nwögure alaa, jee na-aga ozi n'ülö. Nne ya erechaa ihe ahïa ya, lötakwa.

Oge Ezidi lötara ahïa, ïdü öbö adïghïkwa. O kweziri ada ya ekele nke öma ka ö sïrï ya "Ï lötala!" O nyere ya ihe ahïa dï iche iche ö zütara, köörö ya akükö n'obi öma, naa-akpö ya, "Nne di m, nne di m."

Ka e riwere ha nri abalï, Ezidi köörö di ya ihe mere n'ahïa, gwakwa ya, sï: "E chere m sï nne di m ga-ekwe nwoke ahü di. Ö narala ya ego, chïara ya öchï törö m obi ütö."

Ike Eze sï na ya maara Ngaobiwü nke öma, marakwa nna ya bü Önükaghaa mgbe ha na ya na-eso aga Ugwuta ïzü azü öma. Ö sïkwara n'abürü ha dï mma, were jüö ada ya ma ö gakwa ekwe ka Ngaobiwü Önükaghaa lüö ya.

Ada ya asï: "Dede, ö bürü na ö ka n'ezi, a ga m ekwe ma gï kwere."

Mgbe ha na-eri nri na-akö akükö ahü ka ndï ha na Ike Eze so eje ahïa batara n'ülö ya. Oge o richara nri, ya ejikere. N'izu nke ahü, ha agaghï ahïa dï oke anya dï ka Ndökï ma ö bü Azummiri. Ha jere Ugwuta. Ö bü Ugwuta ka ha na-aga mgbe ha chörö ïzü nnu na azü dï iche iche.

Ike Eze köörö ada ya akükö gbasara otu mgbe ha jere ahïa Ugwuta. N'izu ahü, ha jekwuuru ndï Ümüeze na Ümünakanü, ha na ha esoro si Ugiri

gafere Eke Ata. Ha jiri önwa ïgbügba rute Ümünöha n'abalï ahü, hitü üra ntakïrï ebe ahü chi aböö.

Ha riri nri ütütü n'Ümünöha, ¤üo mmanya, buru mmanü ha malitekwa ije ha. Mgbe ha ruru Ugwuta, ha rere mmanü nkwü na ümü ihe ndï özö ha jiri gaa ahïa. Ha zürü azü na nnu. Nnu ha zürü bü ike nnu akpürü akpü. Ha ekechaa ibu ha, palite löwa.

Mgbe ha löpütara n'Eke Ösü ha riri nri, zuo ike. N'ölülö ha, ha gagidere ije chi ejie. Ha hiri üra n'Ata, were lörute ülö n'ehihie Nkwö.

Mgbe ha sachara ahü, richaa nri, ha körö akükö ihe mere n'ime ahïa Ugwuta. Otu onye ohi nke maara aghüghö karïa mere ütüm. Ha sï na onye ohi ahü batara n'ahïa, hü otu nwanyï Ugwuta ji ökpürükpü ego. O were chegide nche ruo mgbe nwanyï ahü dotere akpa ego n'ala na-akpösa azü ö na-ere ere n'ute. Onye ohi ahü esere akpa ego nwanyï gbapü ösö n'üzö. Nwanyï akpöö, tie. Ümü okorobïa üfödü eso onye ohi ahü azü, mana ükwü ösö ya karïrï nke ha.

Otu nwoke ewere anyïnya igwe ya chüsie onye ohi ahü ösö ike. Mgbe ö förö nwa ihe nta ya ebitü ya aka, onye ohi ahü agbakpuo n'öhïa. Onye igwe ahapü igwe n'üzö ngwa ngwa sowe ya n'öhïa. Onye ohi arürüala ahü asügharïa, puru ya üzö gbapüta n'üzö, magoro n'elu anyïnya igwe nwoke mmadü, gbafuo. Ma igwe nwoke ahü ma akpa ego bekee nwanyï efuo. Ha kwuru sï ihe ahü mere mkpötü n'ime ahïa.

Akükö ahü mere ka ötütü mmadü bee akwa, n'ihi na ihe arïrï emere onye igwe ahü na nwanyï ahü ajöka.

# 13

## Nhümönü Nwögure

Oteghï anya, Ngaobiwü na nna ya eburu mmanya bute n'ezi Ike Ezeagü ka ha lürü ada ya. Okwu ha dabasïrï nke öma. Ka ha buzuchara mmanya, ahüö önü ego, kwuzie ihe ümü nna na ihe ndïomi, risachaa ihe oriri.

Ebuzuo mbele mmanya anö iji gwa ndï nwe nwa-agböghö na achörö ïlü ya n'ezi okwu, ihe özö a na-eme bü nhümönü nwanyï, nke a na-akpö aha özö dï iche iche, dï ka Idozi okwu, Njikwa-üka, Igbubi önü ma ö bü Nlem önü nwanyï.

Tupu ahüö önü Nwögure, Ngaobiwü na nna ya buru mbele mmanya zuru oke bïa nga Ezeagü ka ö gwa ha omenala eji ahü önü nwanyï ebe anyï. Nna Nwögure kpöpütara mmadü anö ka ha güöra ndï ögö ya ihe ha ga-eme ezi a ga-ahübi önü ego ha ga-akwü n'isi ada ya.

Mgbe mmadü anö ahü bïara, ha kwere Ngaobiwü na ndï so ya n'aka, sï ha: "Ünü abïala!" Ike Eze wetere öjï, bute mmanya ndochi ala. Mmanya ndochi ala bü mmanya nke onye nwe ülö na-ebu üzö a¤ü, bïa ¤üwa nke ndï bïara abïa. Mgbe o wetere öjï ahü, ümü nna ya ndï ö kpörö oku tinyekwara öjï nke ha. Ndï bïara abïa ewere üfödü öjï tinye n'akpa. "Öjï ruo ülö, ö kaa onye kere ya."

Mgbe atachara öjï, taa ugba, ¤üö mmanya ndochi ala, Ike Eze atüö üza mmanya, sï: "Ndï bïara ije, garanü, lara; ma anyï bikwaa." Mmadü nile asï: "Ïha!"

Ya asï ha: "Ö bü nü öjï." Ha azaa: "I meela öjï."

Mmadü anö ndï ülö ya ahü ekwuo, sï: "Ndï bïara abïa jiri üka bïa."

Ha were lee Önükaghaa na ndï so ya bïa anya. Önükaghaa ekelee: "Ünü emeela öjï; ünü anwüchule anwüchu." Ya enye ögö ya ede anwürü ya, ka o weretü anwürü ma nyetü ümü nna ya.

Ike anara ede anwürü, tüsatü n'ala, sï: "Ndï mbü, kpörökwanü anwürü; onye ewela iwe. Okwu anyï makwaa mma, ajöla njö."

Ka ö tüsachaara ndï mmüö anwürü, Ike ewere anwürü, kpöö, nyekwa Ekelaka nwa nna ya nke töchara ndï özö; yanwa akpöö, nyekwa ibe ya. Oge ha kpöchara anwürü, ha ekelee Önükaghaa. Ya ekelegwara ha, tükwasakwa: "E-e, ümü ögö m, e jirim üka bïa. Mana ö büghï esemokwu. Ö bü ihe ngügö ögö, ya bü ihe ïhünanya. A bïara m ka ünü gwa mü na ümü nna m ndï a ihe anyï ga-eme ka oyiyi ahü anyï na ünü yiri n'Orie were dadoo, gaa nke öma. Ö bü ihe ürï bü m. Ünü anwüchula."

Ha agwa ya ka o nye ha öla abüö ihe agügü, otu isi anwürü na nnu anwürü, öjï na ose öjï. Ka ha natachara ihe agügü ndï ahü, ha agüöra ha ihe ha ga-eme üböchï ezi a ga-ahü önü ego.

Mgbe a güchara ihe, e nye ndï bïara abïa nri. Ike Eze agwa ümü ya ka ha gaa kpöö ndï ülö ha nile ka ha bïa ¤üö mmanya ahü ndï ögö ya buru bïa. A¤üchaa mmanya, mmadü dum ekwere idozi okwu ga-enwe isi n'Orie.

N'ehihie Eke börö Orie, ndï ebe Ike Ezeagü kpatara nkü, kute mmiri, were gbajuo udu nile dï n'ülö. N'üzö ütütü Orie, ümü agböghö Nwögure, ndï yörö ka ha bïa nyere ya aka idozi ihe, bïara. Ha ghere ahüekere, süö egusi. Ha zachara ime ülö dum, zachaa ezi, na üzö ama, pïa atü.

Tupu ndï ögö abïaruo, ümü nna Ike Eze bukörö mmanya ha n'ülö ya, otu onye otu mbele. Ike Eze na onwe ya gburu otu mkpi. Ezidi gwörö nnukwu ökü ngü. O jiri mkpokörö, akïdï na ügba türü ökü gwöö ya. Ndïomi bukörö ngü ha gwörö. Ha sürü ütara buru ibu, sie ofe törö ütö, chere ndï ögö.

Ndïomi ndï ögö gürü uri ö¤ü-nwa na-abïa. Ha bu ögü ji abüö, mbele mmanya asatö na nnu akïrïka. Nnu akïrïka bü ike nnu ukwu a na-esi üzö

Uburu enweta. A na-akpü ya dï ka atümara nta na-enweghï aka, were akïrïka ngwö füchie ya.

Ozugbo ahü ndï ögö batara n'ezi Ike Eze, ndï nwe ala abïa kwee ha, “Ï bïala.” Ihe mbü e nyesuru ha bü öjï, ügba na mbele mmanya abüö buru ibu. Ike Eze tinyere otu ükwü anü nime efere ügba özö Ezidi gwörö iji meere ha ihe a na-akpö üra, ma ö bü anü ökwa. E kesara anü ökwa ahü na ügba ahü, mmadü nile, ma ndï bïara abïa ma ndï nwe ala, ataa.

Ndï ögö eweta anwürü; ndï chörönü akpöö; okwu amalite.

Önükaghaa gwara Ike Eze, sï: "Onwere otu nwa agböghö mü hürü n'ülö gï ebe a. Ö masïrï m nke ukwu. A chörö m ka o biri n'ülö m. Ï ga-ana m ego ole?"

Ike Eze asï ya: "Ümü agböghö toro n'ama anyï dï ötütü, ka mü kpöö ha ïgosï m nke ï hürü."

O wee kpöö ümü agböghö dï n'ülö ha: "Nwachi, Ökanwa, Nsömma, bïanü ka Önükaghaa gwa m nke ö sï ya chörö."

Mmadü nile achïa öchï. Önükaghaa ajüö ya, sï: "Ögö m Ike, ö bü sösö ndï ahü ï kpörö bü ümü agböghö dï n'ülö a?"

Önükaghaa ewere önü ya kwuo, sï: "Lööloure, kpörö ha bïa o." Ngaobiwü na ümü okorobïa ibe ya achïa öchi, sï: "Gbam! Nna anyï, ï gbatara ya."

Ike Eze asï: "Ada, sonu ha bïa o."

Mgbe ümü agböghö ndï ahü pütara, ndï ülö anyi ajüö ndï Nsü, sï "Olee onye ö bü ünü sï dï ünü mma? Gosinü anyï ya."

Ada Ike Eze ezoo onwe ya n'azü ümü agböghö ibe ya. Ngaobiwü elite, gaa bitü ya aka, sï: "Leenü ya. Ö bü Lööloure." O were nara akupe Nwögure ji n'aka, laghachi, gaa nödü n'oche ya, na-efe onwe ya mfufe ahü.

Ndï ümü nna ya ajüö ya, sï: "Ngaobiwü, i kwuru n'ezi sï Ada Ike Eze masïrï gi; na gï ga-alü ya, ö bürü nwunye gï?"

Ngaobiwü asaa, sï: "E e, ö masïrï m nke öma. Ö bü uche m ïlü ya. Ihe nile ünü ga-ekwubi taa sï mü mee ka ö bürü nwunye m, aga m eme ha."

Ekelaka ajüökwa Ada Ike Eze, sï: "Nwögure, Ngaobiwü ekwuole sï gï masïrï ya; na ya chörö ïlü gï. Ö masïkwara gï? I kwere sï anyï ¤üwa mmanya ya, na ö ga-alü gï?"

Ruo ugbu a, o nwebeghï nwoke Nwögure kwere na-öga alü ya. O ga-ekwe onye nke a? Ümü ibe ya elee ya anya, na-eche ihe ö ga-aza; ka amara ma a ga-ekwuwe okwu, ma a ga-ahapü.

Ada Ike Ezeagü abüchïa, roo n'isi. "E e, ö bü nga obi m dï. Ö masïrï m. Ya bute mmanya, ¤üönü. Ya ga-alü m."

Nwögure ewere chïrï akwa Ngaobiwü chïkwasara n'ubu maka nke ahü.

Ume alöö onye öbüla. Ösïsa ahü dï mkpa nke ukwu n'alüm di, n'ihi ö bü n'oge ahü ka nwa nwoke na nwa agböghö na-agwa öha sï ö bü ije alülü-di ka ha na-aga, ö büghï ije enyi.

Uchendü onye Nsü elite ötö, maa üsa: "Ti-i-i."

Mmadü nile etie, "Ho-o!" ugbolo atö. Ikwuakö nke ülö anyï ekulie ötö maa üsa nke ya, otu Uchendü siri maa ugbolo atö. A zakwaa ya otu a zara nke Uchendü.

Obi törö Önükaghaa na opara ya ütö n'ihi na ha ejidele ihe ha na-achü. Ögaranya ahü enye ögö ya Ike Eze ede anwürü özö. Ö nara ya, tüsatürü ndï okenye lara mmöö, tüsara ala Ümünumo, tüsakwara umune na ökpö-agwü, ka obi dïkwa ha nile mma, ka okwu gaa nke öma. O were anwürü kpöö, nyekwa ndï özö, ha akpöö. Ekelekwaa ekele.

Önükaghaa ekwuo sï: "Ögö m, Ike Ezeagü, ndï na-atü ilu sï: 'Öchü nkelu kpöö ya aha, ka ümü nnünü ghara ifegbu onwe ha.' Ö bü ada gï, Nwögure, Ada Ike Ezeagü, ka m bïara ïlü. O kwele m di. Ï ga-ana m ego ole?"

"Ögö m, Önükaghaa," Ike Eze kwuru. "Nwanyï ekwele gï di. Ö ga-dï gï n'ego. Gï butere m nnü öla ise, kpörö ya, lüö. Onye mütara, lüö? Nwanyï bü nna alü, ya bü, nna anaghï alü nwa ya nwanyï."

Önükaghaa ekelee ya, gwa ya sï ada ya karïrï nnü öla iri, mana ö bü ögü öla iri ka ya ga-akwü ya. Oge a na-ekwu önü ego, Ada Ike Eze na ümü agböghö ibe ya akpöba Ngaobiwü na ümü okorobïa ibe ya n'ime ülö. Önüekwugbulem na ele ha öbïa, enye ha ahü-ekere ahü ha ghere, egusi asürü asü na akwa ökükö ha siziri amaa. Ha e richaa ihe öbüla, ümü agböghö ahü enye ha atü, kunye ha mmiri. Ndï özö nökwa n'obi-ama Ike Eze na-ekwu önü ego.

Mgbe e kwukatara okwu, mmadü nile ekwere na a ga-eje n'öhïa izu ebe a ga-agba izu were kwubie ihe Ngaobiwü na nna ya ga-akwü. Oge e kwubiri önü ego, ndï Nsü wetara otu öla bü ego 'olu-gbaa-otu,' ma ö bü ihe nkwekörïta, ha na ndï ala anyï ekerie. Nke a gosiri Önükaghaa na nwa ya, na ögö ha nwoke ndï na-esoghï jee n'öhïa izu, sï üka edoola. Mgbe ha kerichara ihe olu-gbaa-otu ahü, ha apüta.

Tupu e zee üka, ndï nwe üka kwürü öla anö ego nzemüka, kwuo sï: "Ünü kwuzie, ünü anwüchula; ünü kwuluo, ihi ya erila ünü. A ga-akwü Ike Ezeagü nnü öla abüö n'isi ada ya, züöra Önüekwugbulem egbe ögü öla, züöra Udoezi mma öla iri. Ezidi na ndïomi ögö ya kwuru nke ha. Ha kwukwara sï Ike Eze ga-edu ada ya ülö nke öma. Ö ga-enye ya mkpa ji ise, otu mkpa ji igwe, ümü ökükö anö, otu öbü-akü, ya bü eghu ha ga-apürü laa gaa gburie, na oke-ökpa öhïhïakü, nke ögö ya ahü ga-egburi, were nwe ike ïchö akü o ji akwü ego ahü e kwubiri. Ha kwuru na Önuekwugbulem ga-enye nwa nne ya nwanyï otu mkpa ji; Udoezi enye ya otu ökükö.

Mmadü dum kelere ndï ahü kwuru okwu were sï na ihe ha kwuru amaka. Ewere bupüta mmanya na ihe oriri dï iche iche. Onye öbüla erie, ¤üö otu o siri chöö. Okwu nke ndïomi gara nke öma. Ha kwuchara nke ha tüpu chi ejie; ma nke ndikiomi nögidere chi ejie.

N'ime abalï ka a gbasara. Ndï Nsü agürü egwu, laa. Nwunye ha na ümü agböghö ibe ya dulara ha. Chi aboö, ha alöta. Ümü agböghö ndï ahü bücha ndï Nwögure törö atö, mana ha etoola ogo.

O rughï önwa abüö Ngaobiwü emezuchaa ihe nile e kwuru. Ö kwürü ezigbo ügwö, nyesïa Ezidi ihe dum ndïomi na-ana n'aka ögö, nyefere. Akwa

Ükwa na ji Uturu o nyere Ezidi bücha ihe a hörö ahö. Ezidi na-eri, obi na-atö ya. Mgbe o tinyere akwa öhürü ya ahü na ihe ekike nile ögö ya nyere ya na-agba egwu n'ihu ndïomi ibe ya, ö na-agwa ha sï: "Erikwa m nke m." Ha na-asï ya: "Onye riwe nke ya, anüghï üka." Ha nile ekwuo sï: "Amükwa m nwa o-o!."

Ugbu a ka oriakü Ike Ezeagü jiri kwere okwu nile di ya gwara ya sï: "Ihe na-efughï efu nö nga edowere ya."

Ya abürü ya. Nwögure nwa Ike Ezeagü abürüla Nwögure Önükaghaa, nwunye Ngaobiwü.

# 14

## Ije isi-mbu Nwogure jere nötee aka

Ije isi-mbü Nwögure jere nötee aka n'ülö Önükaghaa bü nke nne ya gwörö ngü o jiri jee. E kwuru sï ö ga-anö söösö abalï asatö n'ije ahü, mana ö nörö izu abüö. Oge ahu ka ö nö na-ahü ka omume ndï ebeke di ya siri dï. Mgbe ö nözuru izu ukwu, Ahüdi nwunye nke atö Önükaghaa mürü nwa nwanyï.

Ka nwa öhürü ahü nözuru izu nta, a gürü ya aha. Öhaji, nna Ahüdi bïakwutere Önükaghaa, ha ejee n'ülö Nwidighiri onye Ümüöpara Nsü. Nwidighiri bü onye na-agba afa nkö, ya bü onye na-agba afa nke ukwuu, na-aköta ihe. Onye dibïa nü tara oso öjï, büö ose öjï ahü n'aka ya, hie aka ahü n'anya. O were odo tee na iku anya ya, küö ogele ya, büö abü afa, ya wü, uri ndi dibïa na-agü ha ji agwa ndï bïara ajüjü okwu.

O were chïgharïa mkpürü afa ya dï iche iche, dï ka mkpürü osisi, mkpürü ego, ökpürükpü anü ma ö bü ihe ndï özö e gburu n'ökpürükpü n'ökpürükpü na-achïgharï n'aka ya mgbe ö na-abü abü afa. Ka ö na-achïgharï mkpürü okwe ahü, Nwidighiri na-agü, na-agwa ikenga ya ka o lerïa elerïa, gwa ya nwa bïara ije ahü ke mgbe izu nta. Mgbe ahü ka otu mkpürü ego siri n'aka ya dapü, küö n'agïga ükwü Öhaji.

Oge a ka Önükaghaa jiri mara sï ö büghï nkükü mmadü nke ya ka nwunye nwa ya mürü, were lee onye dibïa leekwa Öhaji. Mgbe ahü ka Öhaji jiri jüö Nwidighiri sï: "Ö bü nne m ka o bu nne nna m, ka ö bü ögö m nwanyï?"

Nwidighiri sï ö bü nwanyï. Ka ö na-chïgharï mkpürü afa ya özö, otu mkpürü ego adapüta site n'akükü ükwü Öhaji makpuru n'akükü ükwü Önükaghaa. Mgbe ögba aja ahü jüpütara na nne Ahüdi adïghï ndü, o lesie ha anya ike, kwüsie ike sï: "Ö bu nne nwunye nwa Önükaghaa bïara ije ahü." Öha ekelee ya sï na ö gbara nke öma. Öhaji were gwa ha na aha ögö ya nwanyï ahü bü Nwaego. Önükaghaa kpögharïrï nwa ohürü ya ahü Egobekee. Ndï okenye matara nwanyï ahü na-akpörïrï ya Nwaego ruo taa.

Öhaji buuru mmanya bïa ïgü okele ya ahü aha. Önükaghaa butekwere mmanya nke ya. E sikwere nri; mmadü nile erijuo afö, ¤üö mmanya. Ma ha akpüghï oke öbïa otu ndï ülö anyï si akpü ma agüwa nwata aha.

Nwögure were anya na-ele. Site n'üböchi ahü Ahüdi mürü nwa ruo n'üböchï ahü a gürü nwata aha, Nwögure jere mmiri ugbolo abüö n'üböchï; ya kuru mmiri wünye n'ite mmiri nne di ya, ya kuru wünye n'ite mmiri Ahüdi. Mana ugbolo abüö ka ö hürü Ahüdi jere n'iyi kute mmiri.

Otu üböchi Nwögure na nne di ya siri örü löbata hü ka Ahüdi siri n'iyi buru mmiri löbata. Nwögüre jürü nne di ya sï: "Ndïomi mürü nwa öhürü ebe a, ha na-kwa asö nsö ömügwö gbasara ïba n'iyi kuru mmiri?"

Ugoeke chïrï öchï, zaa ya sï: "Anyï na-asö nsö ömügwö, mana anyï anaghï asö nsö ïba n'iyi dï ka ndï Ümünumo si asö."

Mgbe Ahüdi nürü nke a ö jürü Nwögure otu nwanyï mürü nwa öhürü si asö nsö ömügwö gbasara ïba n'iyi. Nwögure akörö ya otu ndïomi Ümünumo si ehu iyi mgbe ha mürü nwa tupu ha bawa n'iyi.

Nwögure aköwara ya na nwanyï mürü nwa öhürü anaghï aba n'iyi ruo abalï anö. Ö dï mkpa na ö ga-eje mmiri; ö ga-echere n'elu ugwu iyi ruo mgbe otu onye meere ya ebere, nara ya ite ga-kupütara ya mmiri. Üböchï ö ga-aba n'iyi bü ezi ö ga-ehu iyi, ya bü ïkwa aja n'ihu agbara. Nwanyï na-ehu iyi ga-eji otu akwa ökükö, eze-ego anö, na odo. Ndïomi ibe ya ndï enyi ya abüö ma ö bü atö ga-eso ya. Ha ruo n'iyi, nne nwa ga-achïsa mkpürü ego anö ahü n'ihu agbara nwe iyi ahü, dï ka Öparannü, ma ö bü Ezeala. Ö gakwa edote akwa ökükö na odo ahü n'ihu arüsï ahü. Ya na ndïomi ibe ya ahü ga-eweretü odo ahü chie n'ihu ha. Ö ga-ekwuru agbara ahü okwu ekele, yökwaa ya ka o

chedo ya na nwa ya otu o siri chekwaa ma nne di ya ma ndïomi nile ka ha züö ümü, ümü ha etopüta, baara ha uru, lezie ha anya mgbe ha mere agadi. Ndï enyi ya ahü na-asï "Ïha!"

Mgbe nne nwa ahü na ndï enyi ya rïöchara arïrïö ha, ha asaa ahü ha, weretü üra, ya bü, aja mmïri dï n'iyi üfödü na acha uhie uhie, üfödü dï ka nzu, tee n'olu ha, n'obi, na n'ükwü n'aka ha. Ümü ndïomi ahü eweretü üra ahü ha ga-eji kpüö ihe a na-akpö isi ndü nwata.

Isi ndü nwata na-abara nne nwa uru. Nwanyï na-ebi nwa ya ihe ahü n'ahü, ebikwa ya onwe tupu o nye nwa ya ara mgbe ölötara örü ma ö bü ije tere anya, na mgbe nwa ya bere akwa ike ike, ka o were bijüö ya ahü ikpe ökü na oyi.

Nwögure aköchaa akükö, gwa Ahüdi, sï: "Ö bü ihe mere o ji-atü m n'anya oge nile m na-ahü ka ï na-eje n'iyi ekute mmiri na-esoghï omenala dï na ya."

Ahüdi asaa, sï: "Anyï na-akpü isi ndü nwata, mana anyï anaghï asö nsö ïba na mmiri."

Igbedi, nwunye nke abüö Önükaghaa, tinyeere ha önü sï: "Ümü nna m, Ümünumo, na-emesi omenala ha ike. Ünü hükwara üböchï a gürü nwa aha nga a, ya adï ka ökü nyürü. Ö bürü n'Ümünumo ka a gürü nwa öhürü ahü aha, nri na mmanya gaara esi elu, sie ala; nwoke na nwanyï erijuru, ¤üjuru."

"E e nu!" Nwögure tükwasara. "Ndïkomi nile gaara ebutecha mmanya; ndïomi agwöta ügba, nri abüö üra."

Ahüdi etinyekwa önü özö, sï: "Ökwa mba na-achï n'olu n'olu? Mba öbüla na-eme otu ha na-esi eme."

Ugoeke, nne di Nwögure, bü nwanyï-löölö Önükaghaa, kwusiri ike, sï ha: "Ünü agwabööla üka nnu. Ö bü mgbe a na-agü nwa ime ödü nwanyï aha ka a na eme ihe nile ahü ünü na-agü, gbuo eghu, sie nnukwu oriri."

Önükaghaa sï nwunye nwa ya: "Nwanyï di, bata! Bïa, siwe nri. A ga m egburu gï eghu ezi a ga-agü nwa isi mbu gï aha." Ngaobiwü esi ebe ö nö na-

agba ngwö gwa nne ya, si: "Nne-nne, a ga m egburu ya okiri ukwu gbara abüba." Nwögure akükepü öchï, gbakpuo n'ime ülö nne di ya, ga-siwe nri.

Nwögure nöro ebe di ya, were na-eso nne di ya na nna di ya örü, na-amata ubi ha na osisi ha.

Ugoeke gosiri nwunye nwa ya ahü ala örü buru ibu ebe a ga-akö ede Ezidi ga-enye ya. Önükaghaa egosi ya üzö ala abüö ebe a ga-akö ji nna Nwögure ga-enye ya. Otu Nwögure na-eso ha eje örü üböchï nile, Önükaghaa na ndï ezi na ülö ya jikörö aka ga-süö otu n'ime ala ubi abüö ahü.

Mgbe Nwögure nözuru izu abüö, Ugoeke na Igbedi sooro buru ji na mmanya nkwü dulaa ya. Ezidi na di ya lere ha ezigbo öbïa. Mgbe ha richara nri, ¤üchaa mmanya, Ugoeke nyere di na nwunye ahü anwürü ka ha weretü kpöö ma nyekwa ndï nile pütara nga ahü. E mechaa, Nwögure edulaa ha.

Izu özö, Ugoeke eburu mmanya bïa nga Ike. Ka erichara nri, ¤üö mmanya, kpöchaa anwürü, Oriakü Önükaghaa gwara Ike Ezeagü, sï: "Di m sï gï gwa anyï ezi ï chörö ka o dunye ümü okorobïa ka ha bïa bute ji a ga-akö akö, n'ihi na mmiri adaala, asüwakwala örü."

Ugoeke agwakwa Ezidi, si: "Ögö m nwanyï, olee ezi ï sï m kpörö ndïomi ibe m bïa buru ede m ga-akörö Nwanyïdi. A süwala m örü ede." Nwanyïdi bü aha Ugoeke bidorola kpöwa Nwögure.

Ha were yie üböchï a ga-enye Nwögure ji; yipütakwa üböchï a ga-enye ya ede. Nwögure edulaa nne di ya na Igbedi.

Ka üböchï abüö gafere, Nwögure kpöörö ümü agböghöbïa ishii, ha esoro ya gaa süpücaa örü nke abüö ahü ebe a ga-akö ji ya.

# 15

## E were ji na ede duo Nwögure di

N'isi ütütü Orie Ümüalüwakü, Ngaobiwü siri ebeke ha, Ezeoke Nsü, kpörö ümü okorobïa iri na abüö bïa ïnara ji n'ülö Ezeagü. Ha buru abö iri bïa.

Mgbe ha pütara n'üzö ama ebe öba anyï nile dïcha, ha dotere abö ha n'ala, na-ele ji di n'öba. Ha were na-eto ji dïsï n'ime öba otu ha siri rupüta ogbe ukwu. Üfödü na-ekwu maka üzö e siri rüö öba; ndï özö na-ekwu, na-eto otu e siri kwaa öba, were mee ka mkpa ji nile nörö n'ahïrï n'ahïrï, nakwa üzö e siri kee ji n'ikwu n'ikwu.

Ö türü ha n'anya otu ndï ala anyï si agba öba ha n'ebe ama di ülö ütïï. Ha na-ajü ma ö bü na ndï ohi anaghï abïaru ebeke anyï. O nwere ndï kwuru, sï: "Ndï Ümünumo na eche öba ha nche abalï." O nwekwere ndï kwuru, sï: "Ö dïghï. Ö bü ögwü ha gwörö agwö. Onye öbüla bi aka n'öba ha n'ujisi, ö gaghï amakwa ihe ö na-ezuzu were ruo mgbe onye nwe öba bïara n'ütütü chanwürü ya ka ökükö."

Oge ha nö na-elegharï anya n'öba ka Ngaobiwü jiri garuo n'ezi ögö ya, hü nwunye ya, gwa ögö ya nwoke na ndï ga-ebu ji abïaruole. O were bïakwute ümü ibe ya ebe ha nö na-ekwu ihe dï iche iche maka öba ji, sï ha: "Ünü meghe gïnï n'ama? Batanü n'ülö ögö m nwoke."

Ha esoro ya baa n'ezi Ike Ezeagü, kwee ya ekele. E nyere ha oche n'ime obiama. Ndï özö bïara kwee ha ekele. E nye ha öjï; ha atachaa, rie nri, ¤üö mmanya.

Ka ndï ögö ahü ¤üchara mmanya, Ezeagü kpöörö ha jee n'ime öba ya, nye ha mkpa ji asaa. Ha fajuru abö iri ha ahü ji, ji afökwa nke buru ibu.

Ngaobiwü rïörö ögö ya nwanyï ka ö chötara ya abö ka ha were buruchaa ji ndï ahü fötürü afö. Ezidi achötaara ha abö abüö.

Mgbe ha bupütara abö ji iri na abüö ahü n'önü üzö öba, Ike Ezeagü jiri mma agïga ji ya gbuwaa otu ji ibe abüö. Ö were otu ibe ji ahü tinyere ada ya na di ya n'abö ji nke dörö ha n'ihu, sï ha: "Buru ji ndï a, laa, gaa köö. Ö bü m nyere ünü ha. Ihe nne na nna nyere ünü adüla ünü ökü. Ji löwara ünü. Akü löwara ünü. Akü na üba ahïala ünü ömümü. Ünü köö, dïkwanü ndü rüchaa; ünü rüchaa, gwutekwanü; ünü gwute, riekwanü. Önwü ike ehule ünü; ïhüju anya akpöla ünü ihu."

Ya agöchaara ha öfö ahü were aka abüö para otu awa ji nke özö ahü, buba ya n'öba ya, kwuo, sï: "Mü na-enye ünü, mü na-akütachi. Ji alala m, alala ünü." Ike Ezeagü tikötara awa ji ahü na ji ndï nke ö gara aga ö ga-akö ezi ahü.

Onye makwanü ihe nna ji maka ya agawa otu ji ibe abüö, nye nwa ya otu ibe, buru otu ibe nke özö, ga-soo n'ubi ya? Ikekwe, ö na-atü egwu na ji ya ha ga-agbalara ada ya na di ya, rupütara ha ogbe ukwu, nke ya eruo ogbe nta. Ya mere o jiri sï ha: "Ji alala m; alala ünü." Nke a pütara "Ji ruwere m, ruwere ünü."

Ezidi nyere ada ya na di ya ihe ndï ha ga-eji akpü ndï örü ga-akö ji ahü. O nyere ha akpü, otu isi unere-ojii, otu ekete mkpürü ükwa, öka, na otu ogbe azü Ugwuta.

Önükaghaa na ndï ezi na ülö ya ¤ürïrï ö¤ü oge Ngaobiwü na ndï ya na ha so buuru ihe ndï ahü lörute n'ülö ya. Ha kwuru na ögö ha mere n'ülö Ike Ezeagü dabara nke öma. Ha kwuru, sï: "Ögö anyï na Ike Eze a amawala mma; ya mawaruchakwaa mma site n'isi ruo n'ükwü ala.

Ha buuru ji e nyere ha, gaa köö. Mana Ugoeke ekweghï ka Nwögure bitü ögü aka, ma ö bü rüö örü öbüla siri ike n'ihi izu fere ya öhürü. N'izu Orie nke özö, Oriakü Önükaghaa kpööra ndïomi ibe ya bïa nara Ezidi ede. Ezidi nyere ha abö ede iri na abüö ka ha gaa, kööra ada ya. E wepü Ugoeke ndïomi ahü dum bucha abö ede dï arü.

Ka ha richara nri kwado üla, bupütachaa abö ede nile n'ihu ezi, Ezidi bïara göziere nwa nwanyï öfö, sï ya:

"Bizie, müzie n'ülö di gï. Müwa otu otu müjuo ülö. Akpörükwala ükwü. Umü-agbara anyï na ndï abürü anyï nwürü anwü enyekwala gï enyegwoo a nara. Ümü hükwa gï n'anya, jeere gï ozi otu i sïri jeere m. Ümü gï ndïomi atökwala gï n'aka. Ugbu a oyi n'ama gï, ö bü örïa ahü öma, örïa ömümü. Ya dïkwara gï mma."

Ndïomi nile dï ebe ahü achïa öchi, kwuo sï: "Örïa ejighi ükwü, ejighï aka, ö bü otu ö na-adï. Ö naghï egbu anyï."

Ezidi nyere Ugoeke ihe dï iche iche iji kpüö ndï ga-akö ede ahü örü otu o siri nye nke e jiri kpüö örü üböchï a körö ji. Na nke a o nyeghï ha azü önü apïa dï ka o nyere ha ezi a körö ji. Kama o nyere ha otu ükwü eghu. Ndïomi Ezeoke Nsü ahü bïara nara ede gürü uri oge ha na-ala. Ha naa-aga n'uzo, ha ewere uri naa-eto, naa-ekele Ezidi na di ya, akpöje ha "O mefö, o buru." Ha kwuru, sï: "Öbïa bïara aka ji akü, ya na-eme n'aka, na-ero n'isi; öbïa bïara onye na-ödïghï nke o ji, ya di ka onye ihe ghörö."

Ha jikwere uri ha too Ngaobiwü na nne ya na nna ya, kpöö ha ndï aka siri ike, ndï na-akwapü ego dï ka mmiri iji züta ihe ha na-achö. Ha kpörö Önükaghaa "Ükwü gbara apïtï agürü na-anaghï egbu önü ya"; "O ji ükwü achö akü na-azü ihe dara oke önü ahïa." Ünü ga-echeta na Önükaghaa na-esi n'ala anyï zürü ihe ahïa, gaa ree na mba dï anya, sikwe ebe ahü zürü ihe ahïa, bïa ree n'obodo anyï. Otu ahü ka o siri baa ogaranya.

Ndïomi ahü naa-eme ïbara, ha naa-egwusï Nwögure egwu, na-achö ka o soro ha mewe abarï, chïwa öchï. Mana ahü esighi ya ike. Ihu ya adïghï otu ö na-adï ochie. Ntakïrï oge ya pïa aka n'afö, gbapü asü, kuo ume ike ögwügwü. Agböghö öma nïï ezechaa ihu dï ka onye na arïa oke örïa. Ö dïghï oke örïa ö na-arïa; kama ahü ya banyere önödü öhürü nke ö na-ababeghï mbü.

Üfödü ndïomi ahü kasiri Ada Ezeagü obi, sï ya: "Jisie ike. Ö förö otu önwa ugbua gï enwere onwe gï; mma kacha mma ochïe gï achapüta gï n'ihu; gï adï ka abüzü bujuru ebuju." Nwögure ekelee ha, jisi ike naa-eso ha, naa-aga.

Üböchï akörö ede Nwögure, Ugoeke yörö ögö ya nwanyï ka ö bïa nyere ya aka iso ede. Ya mere Ezidi jiri kpörö Ihudi, nwunye Önüekwugbulem, na Ömaji, nwunye Ekelaka, jeere ha örü nsom ede. Ha nögidere Ezeoke chi ejichaa. Alöghï n'oge ha wutere Önuekwugbulem.  O were naa-ajü nna ya ihe kpatara nne ya jiri kpörö nwunye ya gaa ïnöbö chi na mba mgbe ö mara sï nwunye Udoezi alöbeghï ülö. O were na ajü onye ga-esiri ha nri anyasü, ma ö bü na ha ga-agbara önü baa ülö.

Ike Ezeagü tara ökpara ya üta, were jüö ya ma o chere sï mmadü nile ga-ezucha oke n'ülö oge öbüla; na-ajü ma ö bü na ö maghï sï o nwere mgbe ndï na-akwü ise, ga-akwü anö ma ö bü atö. Ö gwara ya ka o kelee chi ya, n'ihi nke a abüghï nkewa iru uju na anya mmiri, kama ö bü ije öma ka nwunye ya na nne ya jere nke ha ga-emechaa lötakwa.  Önuekwugbulem agwa Udoezi nwanne ya nta ka o were ji hünye n'ökü ka ümü ntakïrï ya rie lakpuo.

Mgbe Udoezi na-emezi ökü ïhü ji ka nne ya na Ihudi jiri ökü ederi löbata. Ömaji alaböröla ka ö pürü n'üzö ama ha. Ihudi jiri ujisi ahü siere nna di ya, di ya, na ümü ya nri anyasü. Önüekwugbulem kpötere ümüaka ahü hicharala üra; nne ha enye ha nri.

Mgbe Ihudi na esi nri ahü ka Ezidi na-akörö di ya na ümü ya otu ha siri jee örü iso ede na ka ndï ögö siri nata ha nke öma.

Ya aköchaa, malite, rïöwa Chineke, sï: "Öbasï dï n'elu, biko nönyere nne di m, Nwögure, ka ö müö nwa ya n'udo. A müta e jighï, ehule ya. Ya mürükwa, kuru. Ya akpörükwala ükwü."

# 16

## Nwanyï kpörürü ükwü

Üböchï ahü ndïomi Ezeoke bïara nara ede, Ezidi görö öfö ka ada ya ghara ïkpörü ükwü. Ïmüpüta nwa öhürü n'üzö na abüghï üzö e siri chöö ma ö bü otu e siri tüö anya bü ihe a na-akpörö ïkpörü ükwü. Mkpörü ükwü bü azï öjöö gbara nwanyï n'ïmü nwa. A na-asï na nwata nne jiri kpörüö ükwü lörürü üwa. Nwanyï mütara nwa na-adïghï ka nwa öhürü si adï kpörürü ükwü. Nwa öhürü öbüla önü ya, imi ya, anya ya, ma ö bü nzu ahü ya öbüla na adïghï ebe ö na-adï, lörürü üwa. Nwa puru üzö jiri ükwü püta n'afö nne ya oge a na-amü ya, lörürü üwa. Ndï özö lörürü üwa bü ndï amürü kama otü n'otu ntü ime, dï ka ejima, na ndï amürü atö. A na-etinye ümüaka öhurü ihu öjöö dï otu ahü kpörö na mkpökörö ite, bufuo ha n'ajö öhïa ma ö bü n'mkpa.

N'eziokwu, ndïomi kpörürü ükwü nwere ihu öjöö. Ihe ndï mbü ahü na-eme ha abüghï ihe kwesïrï ncheta ma ö bü nköta. Ikwute ya ebe a abüghï ka ewere köböö ndï mbü ma ö bü ka a göö ha ikwu maka ihe ha mere. Mba! Ö bü iji gositü ndï ugbua ikwu ndü ndï mgbe ochie biri, na agwa ha kpara, nke anyï siri n'ime ha püta.

Ndï okenye mbü ahü amaghï na ha mere mmehie n'ahühü öjöö ha nyere ndïomi mürü ümü otu chi ha siri nye ha. Ünü ndi na agü akwükwö a kwesiri ikele Chineke ka O siri mee ka ihe ndï a ghara irute ünü, ma ö bü mee ünü n'ihu. Akachakwaa ndï n'ime ünü amürü ejima na ndi amürü atö. Ugbua anyï ewerela ejima ka ngözi nke Chineke nyere afö nwanyï; mana ndï mbü ahü kpörö ya arü. A sï m ünü kelee Chineke maka ihu öma kpörö ünü n'ime mmepe anya nke a mürü ünü na ya.

Ndï mgbe ochie ahü na-etinye ümüaka lörürü üwa n'ime ite, buru ha na ite bufuo n'ajö öhïa. Ebe ahü ka ümü nta ahü ga-anö begide akwa, nwüö. Nwanyï ihu öjöö dï otu ahü kpörö agaghï aba ime ülö. Ö ga-anö n'egbere ülö. Ahïhïa unere bü oche ö na-anö ma ö bü ute o ji edinyeru ala. Anwü ö na-acha, mmiri ö na-edo, n'elu ahïhïa unere ahü ka ö ga-anö, naa-eche üwa ya, eru uju, akpölu chi ya na ikwu na ibe ya nwürü anwü aha maka ihe öjöö o chere na ha nyere ya.

Ümü ndïomi ibe ya ga-anö ya ütïï, akachakwaa ndï dï ime na ndï na akwüsïbeghi ïmü nwa. Üjö ha bü na ha nwere ike ibute mkpörü ükwü otu e si ebute örïa na-efe efe, ma ö bü örïa ngafe. Ndïomi dï ime nü sï nwanyï ibe ha kpörürü ükwü, ha yee afö ha mbö, kwuo sï: "Azï gba! Chi m ekwele ihe öjöö." Ha anaghï achö ige ntï n'okwu dï otu ahü.

Ndï nwere ike ïnökete nwanyï kpörürü ükwü, naa-eleköta ya anya bü nne ma ö bü nne di ya na okubiri nwanyï bi ya nso. Ha bü ndï nkasi obi ya, ndï na-afürü ya ökü, enye ya nri na ögwü, asakwa ya ahü. Ihe e ji etinyere ya nri bü öbara akü-bekee, ogbara, na ihe ndï na abaghï uru aga atüfu atüfu.

Üböchï anö gachaa, a gaa chöta onye dibïa ka ö bïa püö ala, kpöpüta nwanyï mmadü ka o mesara ahü. A ga-enye dibïa ahü ürïaka anünü, ya bü nwa ökükö a mürü öhürü ka o were püö üpü ahü.

Oge a na-apü ala, ö dïghï onye ga-anödï n'ime ülö nwanyï kpörürü ükwü na di ya biri, ma ö bü n'ebe ahü ö nörö ruo iwe ihe mere ya. A ga-akwü onye dibïa ego ïpü ala, nye ya otu ökükö nke ö ga-eji ala.

Ya narachaa ego na ökükö, o were ihe ndï o ji apü ala-oke ngwere, awö, ahïhïa eko, ahïhïa aba, na ürïaka anünü ahü-kegide ha n'ömü nkwü. O ga-ejide isi ömü nkwü ahü aka, site n'ime ülö nile pürü ihe ndï ahü n'ala püta ezi, si n'ezi pürü ha gawa üzö ama. Ö naghï ele anya n'azü; ö naghï ekele mmadü ekele, ma ö bü kwunyere onye öbüla okwu.

Ya naa-apü ümü ihe ndï ahü naa-aga, nwa ökükö ahü naa-ebe akwa ka ö na-akü n'ala, ngwere na awö naa-agba lïbö-lïbö n'ala. Otu okenye nwanyï eburu mmiri so ya azü azü, efesaje mmiri n'ala n'üzö ahü o si apuje üpü. Okenye nwanyï ahü nwere ike tinye nzu n'ime mmiri ahü ö na-efe.

Mgbe ö na-efe mmiri, okubiri nwanyï ahü ga-akpöku ümü agbara, sï: "Ebu-mmiri onye Osu, Opara-nna bi na Nkwö, Opara-ike bi n'Orie, Dimonyeka, Ezeala ogu ugo, agbara ukwu na agbara nta, ndï m chetara na ndï m na-echetaghï, ma ndï anyï mekara ma ndï anyï meluru, biko wepürü nü anyï ïkpörü ükwü na ïhüju anya. Ünü enyekwala anyï ihe anyï na-asö nsö özö. Wepürü anyï örïa na önwü ike. Üsü sükwa n'ihe öjöö nke a mere eme; özö emekwela. Ömümü löwara anyï, otu otu, ülö eju. Üga nwa agala anyï; a-mü, e-ji ka mma."

Ya fere mmiri ahü, gürü agügü ïchü aja ahü gamie ebe dï anya, ya akwapü üfö mmiri ahü, were opete na osisi ökwürü tübichie üzö laghachi.

Tupu nwanyï gara ife mmiri alöta, nwanyï ahü tara ahühü ga-azachasa ülö, zachaa ebe ahü ö nörö ruo uju ihe mere ya. Ö ga-ekpopü ntü na ihe ndï o jiri rie nri, ahïhïa unere o jiri dinyeruo ala na ahïhïa ögwü o jiri saa ahü, bufuo ha ebe di ütïï, löta, bïa saa ahü.

Nwa dibïa apürüla üpü gawa. Ö bü n'ajö öhïa ka ö na ga. Ya garuo, ö ga-agbötö ihe ndï o jiri püö ala ebe ahü. Nwa ökükö ahü naa-ebe akwa, ngwere na awö naa-agbagharï, ebugharï eriri ömü nkwü ahü jisiri ha ike n'ukwu. Ebe ahü ka ihe ndï ahü ga-anö were ruo mgbe ha nwürü ma ö bürü na agwö ma ö bü nnünü abïaghï buru ha rie.

Mgbe nwanyï ahü sachara ahü, e fesa ya uri, bie ya ögwü nzu, ibe ya ndï nke na-enweghï ike hü ya anya ke mgbe ö dï na-iru uru nwere ike bïa lere ya, na-asï ya, "Ndo." Mgbe ahü ö ga-emi önü, sï ha: "Ökükö daa oguru, ibe asöwa ya nsö." Ünü amarala sï ümü ökükö na-akpaköta ürï mgbe ahü ha dum zuchara oke. Mana otu n'ime ha daba n'mmanü ma ö bu oguru nkwü ibe ya agaghï akpakete ya ürï ma ö bü kwe ka ö kpakete ha.

Ö bü ïhüsi anya dï ka nke a ka Oriakü Ike Ezeagü na ekpere chi ka ha ghara irute ada ya.

# 17

## Nwögure Ngaobiwü abïa emume

Nwögure na nne di ya na nna di ya biri n'udo. Ha elezie ya anya nke öma; ïhünanya ya na di ya akwürü chïm. Nke a mere ka obi töö Ngaobiwü ütö nke ukwu. N'anya Ada Ike Ezeagü, ïga Ümünumo abürüla ïga mba özö; aha Ike Ezeagü abürü aha onye özö. Aha ya ga-abü Nwögure Nwanyïdi Ngaobiwü.

Emume önwa ishii nke afö ahü manyere mgbe afo ime Nwögure na-eru önwa itolu. N'üböchï mböm-üzö, Nwögure gwörö mkpökörö na ügba; di ya elute otu mbele mmanya ukwu; ha akpörö ümü okorobïa abüö na otu nwata nwanyï ndï butere ihe ndï ahü, soro ha bïa emume ïbö üzö.

Mgbe ha bïaruru, ada ha bü Nwögüre, na-aza Oriakü Ngaobiwü ugbu a, banyere n'ezi ötütü mmadü, kelee ha. Ebe öbüla o jere, ya na ndï mmadü ¤ürïrï ö¤ü, mesaa obi, mee onwe ha öhühü-anya.

N'oge ngwuri egwu, Nwögure, di ya, na ndï ha na ha so gagharïrï, lere uri di iche iche, ndï agürü agü na ndï agbara agba. Nwögure emesighïkwa ike, ma ö bü gbaa uri otu o si eme mbü. Ö dïghï. Ö dï ka onye üra na-atü. Oge nile ö na-achö onye ö ga-ekonyere aka ma ö bü dabiri ya n'ahü. Ndï dï ime ibe ya gwusi ya egwu, ya chïa söösö öchï, na-ele ha anya anya.

Ka a gbachara uri, ndï bïara abïa esoro ndï ha bïara nga ha laa ka a gaa kpüö ha öbïa. Ngaobiwü ha alöbata n'ülö Ike Ezeagü, rie nri, ¤üö mmanya. Ö teghi anya, ötütü mmadü abata n'ezi ögaranya a, na-a¤ü mmanya, na-agba uri nkwü, akü ökwa, ebe ube ego. Ka chi jimiri, Ngaobiwü

na mmadü atö ahü ö kpörö bïa laghachiri Nsü. Oriakü ya esoghï ha laa n'ihi ö gaghï adali ugwu Mbara-Owere n'ujishi ahü.

Ka chi Orie börö, n'uhuda chi, ö laghachiri Ezeoke. O soghïkwa di ya, nne di ya na nna di ya bïapüchaa emume nke förö afö, dï ka nram ngü, ihe izu, na nrim nkwükwö. Mgbe Ezidi jürü Ugoeke, sï: "Nne-di m kwenü?" Ugoeke zara ya, "Ö nö n'ülö nga ahü, atagha ikere eze!"

Ezidi ekuo ume, si: "Ya dïkwara ya mma."

Onükaghaa na ndï ezi na ulo ya alaruo nye Nwögure obi anü nna ya nyere ya na ihe ndï özö di iche iche nne ya na umunne ya nyere ya.

# 18

## Nwögure amüö nwa

K'üböchï abüö gafere, Ezidi ejikewe ïga Ezeoke ga-ïhü ada ya otu ahü gwölï-gwölï na-ekweghï ya bïapüchaa emume ahü emere. Oge ö gafere azü ülö ka ö ghörö ose o ji-agwö ngü o ji-eje Ezeoke, ö nürü olu ümü-aka abüö bïara abïa na-ajü sï ögö ha nwanyï ö nökwa n'ülö. O were si n'azü ülö püta. Ümü-aka abüö ahü bu nkü ntakïrï ekere eke, mmanya nkwü dï na mbele nta a na-akpö wönya, jikwe ökpükpü nzu.

Mgbe Ezidi matara na ha si n'ülö Önükaghaa, ö gbapütara ezi, na-ama jijiji, obi etipü ya.

Ö jüö ha, sï: "Nne-di m ö dïkwa ndü?"

Ha zara ya: "E-e, ö dï ndü. Ö müöla. Anyï wetaara gï ihe ogoro nwa."

Ha were nye ya nkü ahü, mmanya, na ike nzu.

Ya ajüö ha: "Ö mürü nwa gïnï?"

"Nwanyï."

Ezidi ekelee Chineke, kpöö Ihudi ka ö bïa lere ihe ya hürü. Mgbe Ihudi hürü ihe ndï ahü ewetaara nne di ya, o were obi ya mara sï ada nna di ya amüöna nwa. O welie olu ya elu, hïa oro: "Hïa, hïa hïa e-e-i! Owe a! Owe! Owe! . . ."

Tupu ya ahïapüchaa oro, ndïomi nile nö nso agbarala ösö bïawa naa-ajü: "Onye mürü nwa? Onye mürü nwa?"

Mgbe ha huru ihe ogoro nwa ahü, ha jürü sï: "Ada Ike Eze ö müöna?" Ümü nwata nwoke abüö ahü bïara abïa achïwa öchï, sï: "E-e, ö müöna! Ö mürü nwa nwanyï."

Ndïomi ahü ahïasie oro ike, tewe onwe ha nzu n'olu, n'obi-ara na n'ihu, naa-agü, naa-agba uri.

"Keleere m chi m, o!"

Ezidi jiri ösö gaa ïhü ada ya na nwa ya. Ihudi soro ya azü azü jekwute ya n'Agbaghara. Ha abüö esoro garuo n'ülö Önükaghaa. Mgbe Oriakü Ngaobiwü hürü nne ya, eze awaa ya öchï. Nne ya na Ihudi agübie ya. Ha nile a¤ürïa ö¤ü. Ezidi na nwunye nwa ya ekuru nwa öhürü ahü, sachaa ya ahü.

Ka ha richara nri, Ihudi alöghachie. Ezidi nöbörö chi tupu ya alöta. Mgbe ö lötara, o wekötara ihe di iche iche, ndï ö zürü azü na ndï ö wetara n'ubi ya, were gaa ghusie ada ya afö. O nörö izu abüö ebeke nwa ya ahü. Mgbe ö na-alö, Ngaobiwü meere ya ihe apata, ya bü, o nyere ya ego na otu nnekwu, kpööra ya akwa, nye ya mbalarï na ihe ndï özö o jiri löta.

Ezeagü na ndï dimkpa ibe ya jere lere nwa ohürü ahü, soro mechaa omenala dï iche iche a na-eme nga a mürü nwa.

# 19

## Nwögure akwaa nna ya bü Ike Ezeagü

Ka nwa ya gbasitürü ike, Nwögure eküru ya bïa ebeke anyï. Ka chi ahïa gbara, o jere Nkwö Ümünumo, gaa fee ma ö bü waa nnu. Ndï o nyere nnu nyere ya ego. Ötütü mmadü nyere ya ji; ndïomi nyere ya ego.

Ö kpö ümü agböghö ndï buteere ya nnu ahü, na ndï ji ekete e ji etinye ego ndï mmadü gbaara ya. Mgbe ö lötara güghaa ego ö gbatara, ndï mmadü kwuru sï onwebeghï otu onye mbü natara ego ha otu ahü oge ö wara nnu.

Obi adïghï Nwögure mma ezi ahü n'ihi nna ya dï na nnukwu örïa. Ka ö laruru Ezeoke, o teghï anya ya kuru nwa ya bïa ka o soro ümü nne ya na eleköta nna ha n'örïa ahü. Di ya, nne ya, na nna di ya, ha nile na abïakwa eleta ögö ha nwoke.

E kuru ötütü dibïa. Otu bïa gwöö ihe ö sara, a sï gaa kpöö nke özö. Nke bïa, ya elee ule ögwü ya, kwuo sï: "Ahü ga-adï ya mma." Ha naa-agwö ögwü, ha naa-eke okike, atü igbudu ögwü; naa-egbu eghu na öküko naa-enye ndï mmüö ka ha nara rie ma hapü nwoke öma ahü. Mana ünü amarana sï "Akwükwa aja anaghï egbochi önwü."

N'anyasï Eke Ümüezegwu na-abö Orieagü, Nwögure, ümü nne ya ndï nwoke, ndïomi Ike Ezeagü, na ikwu na ibe ya, bïara nögide ya, naa-arïö ndï mmüö ka ha hapürü ha öjï ji ülö ha. Ike were kechaara ha ekpe, kasichaa ha obi, sï ha emeböкwala ya. Ö malite mewe ume ökü-ökü, kpöö kuu, kubie. Mmadu nile agbaa gwuri gwuri, kwuo sï: "Ökü anyüöna!"

Mgbe ha na-akü onwe ha n'ala, ebe akwa, ndï nze amaara ha iwu sï ha ebepükwala akwa ga-ala elu ruo mgbe emere omenala üfödü. Ha ekworo iwu

aga-eri onye bepürü akwa n'abalï ahü ma öbü n'echi ya, n'ihi na anaghï ebesu akwa onye nze ma ö bü lie ya n'übòchï Orie. Ümü ya, ndïomi ya, na ndï nile akwa juru obi abaa n'ime ülö na akpö kekeke akwa, akü onwe ha n'ala.

Edozie ozu Ike n'ime ülö ya, kpököta ndïomi atö ya. Ha amara nkïrïka mkpuru nödü ödü n'önü üzö ülö Ezidi. Ndïomi isi-ekpe ekelie ümü nwanyï ahü abüba isi elu na adïda ha aka n'ahü. Ndïomi a begidere akwa ime obi, ha na ndï ülö ya na ndï enyi ya ruo n'anyasï Nkwo na-abö Eke Ïkpa. Ndï nze abïa kwuo sï übòchï Eke malitere n'uhuruchi Nkwö ahü bü mgbe a ga-agba üda egbe anö.

Akwa a dasuo, dasie ike, süwa ka mmiri.

Ndï agbata obi, ndï nüchara önwü ahü n'nzuzo ma kpade, amalite bïawa mgbaru.

Ezidi bekata akwa, ö dï ka ö na agü uri. N'ütütü Eke, ndï bïara mgbaru eju ebe nile; nwanyï löölö ahü ewelite olu akwa ya sï:

O  di! O di! di m!
Di saghee anya, mmadü abïala!
Di saghee anya mmadü abïala!

Di, ï sï m gweta oso?
Ï sï m weta öjï?
Ka ï sï m bute ökwa, mmadü abïala.

Ö bara m ögü na anaghï akü m ihe!
Di nke m, di nke m!
O ji anya agbara m izu, mü na ya kara aka kwee ekwee!

Ï si m düwa onye?
Ï sï m bewe akwa?
Ï sï m bewe?

Onye obula lere ya anya ka ö na-ebe akwa ahü, ji akwükwö abosï na mkpïsï n'aka ya abüö, önü ya na-ama jijiji, anya mmiri na-enupüta n'anya ya, ebido soro ya bewe akwa. Nwögure nö n'otu akükü na ebe akwa, ümü ada ibe ya na ndï Nsü atügide ya, akwa na adasi ike.

Otu afö gafechara tupu emewe ökwükwü Ike. A gbaaraya Eke asatö. Ïgbara mmadü Eke asatö bü ime ökwükwü ya n'izu n'izu ugbolo asatö. Söösö ndï bara üba ka ana agbara Eke asatö. Üböchï Eke nta nke asatö ka egburu otu okiri, sie ri, kpüö öbïa, ümü nwoke nile agbaa egbe.

N'izu nke asatö ka ökwükwü Ike Ezeagü pürü ahïa. Nwokorobïa Uchegbu, onye Ökwödü, gburu opi ya n'üzö kacha ütö. Önwüzuruike Nwosu, nwoke öma na eme öka na-iti mkpu, emeghee olu mkpu ya. Ya sere önü, ube egbe-igwe Asönye ebiri ökü. Ümü nwoke naa-agbapü egbe ha, naa-asüchi ha nsi egbe. Ümü nwanyï ahïawa oro, tüwa ebie, naa-aküchara ibe ha aka.

Edubata öpara na ada Ike Eze ahïa. Oge aküwara ogbom n'ime ahïa ahü, Ada Ike bü Oriakü Ngaobiwü, ewere abüba anü okiri nke e gburu ezi ahü fürü n'isi ya dï ka akwa öcha, ma nyara obi anü ahü n'olu, naa-agba uri, ma ö bü atü ebie, naa-ero n'isi ndï mmadü na-agbara ya ego, aja ya mma, akpö ya "Ada, ori obi anü."

Chetakwanü isi okwu anyï: nwanyï anaghï ebichi ama nna ya. Ka ökwükwü Ike Ezeagü gbasachara, Nwögure alaghachi ebe nke di ya. Ebe ahü ka obichiri, na-eme ihe ezigbo oriakü na-eme, na-elekïta di ya naa-ezulite ümü ya. Oriakü Ngaobiwü na-apüta n'ihe emume di iche iche ndï di ya. Otu ahü o siri bürü onye olu ütö na-ïgü uri n'ama nna ya, bürükwa onye na-eme öka n'ötütü ihe, otu ahü ka o sikwara bürü onye ndu ma ö bü opute-üzö n'ötütü ihe ya na ndïomi ibe ya mere ebe di ya. Nke a mere ka a mata ya nke öma ngwa-ngwa ebe ahü n'ögbakö ümü nwanyï. Ö pütaghï sï ndïomi ibe ya bücha iti na-ïgü ma ö bü ïgba uri. Ö dïghï! Kama ö na-abü olu öhürü bata na nkwa, ndï ochie enyetü ya ohere.

Nwögure mütaara Ngaobiwü ümü nwoke atö na otu nwanyï tupu üra eburu anya. Akükö gbasara ada ya ka aga-akö mgbe özö. Ya abürü ya. Ma

Ümüökïrï ma Ezeoke kwara Nwögure nke öma, maka ö bü nwanyï pürü iche! Ada Ike Ezeagü, Nwanyïdi Ngaobiwü Önükaghaa! Agböghö nwanyï öma!